**AKWUKWO USORO**

**OFUFE-NRU**

**NKE**

**DAYOSISI NKE ABA NGWA NORTH**

**MAKA**

# EKPERE UTUTU NA EKPERE ANYASI,

# ORIRI NSO MA O BU YUKARIST,

# BAPTIZM DI NSO,

# NBATA NKE NDINYOM N'ULO CHINEKE

# NA

# INYE IKE NA NKPOBATA

***Gbakwunyere***
***OKWU MMALITE EKPERE NA KOLEKT AGA NA-AGU OGOLOGO AFO NILE***



## OKWU MMALITE

Otu ihe di nkpa nke jikotara ndi Anglikan nile onu bu Akwukwo Usoro Ofufe-Nru. Akwukwo a agabigala otutu ntughari, nhazighari na ndeghari di iche iche dika nkpa okpukpere Chi dayosisi obula si di.

Ma, na-agbanyeghi ntughari, nhazighari na ndeghari nile ndia, usoro na uzo nke akwukwo a bukwa otu na Chochi nile nke ndi Anglican n'uwa nile. N'ebe a, o di nkpa ime ka anyi buru n'uche na mgbe ana edeputa akwukwo ofufe nke a anyi ji n'aka, ewerela ufodi ihe ofufe di nma nke Usoro Ofufe-Nru nke Ochie (1662 BCP) mee ka Ofufe-Nru nke a ma nma, jukwa eju.

Ozo, o di nma ka anyi mara na Akwukwo Ofufe-Nru ndi ozo di, ndi kwuputara ofufe-Nru ndi ozo, ndi na-anoghi n'akwukwo nke a. Anyi na-elekwa anya na-ife Chineke n'uzo di nma ga-aputa ihe site n'iji akwukwo Ofufe-Nru a dika esi hazie ya.

Ya mere n'aha Dayosisi a, anyi na-ekele Nwanne anyi nwoke, Ven. Precious Okereke, Onye isi oche, otu haziri Akwukwo Usoro Ofufe-Nru a, na ndi ozo ya na ha lukoro olu a di mkpa n'ihi igba nbo ha.

Ya mere anyi ji onu na nsopuru eweputa"**<u>Akwukwo Usoro Ofufe-Nru nke Dayosisi nke Aba Ngwa North"</u>** nye ndi otu anyi nile, na ndi Anglikan nile, ndi na-anoghi na Diyosis nke Aba Ngwa North. Ka anyi were ya fee Chineke nke puru ime ihe nile, Onye okike, na Onye ngbaputa di amara.

+ Nath Aba Ngwa North

## OKWU NKOWA

N'oge a, karisia ugbu a ana-ekeputa otutu dayosis, e nwena nmasi ime ka Usoro Ofufe Nru nke Chochi Nke Nigeria puta n'usoro na n'uda-asusu nke ndi Obodo. Ihe Dayosisi anyi bu n'obi haziputa Akwukwo Usoro Ofufe-Nru a abughi ideputa Akwukwo Usoro Ofufe-Nru ohuu, kama, obu, na mbu ime ka Akwukwo Ofufe-Nru rue onye obula aka. Nke abua, ihu na-eweputara Usoro Ofufe-Nru nke ga-adabanye n'usoro okpukpere Chi na nghota nke ndi otu Anglikan nile di na Dayosisi nke Aba Ngwa North.

Akwukwo Usoro Ofufe-Nru a nwere otutu ihe ofufe mara nma di n'ime ya. Nke bu na, Onye no n'isi Ofufe-Nru nwere ike iwere ihe ufodu di nma nke di n'akwukwo Ofufe-Nru nke ochie (1662 BCP) iji mee ka Ofufe-Nru ju-eju, ma kwa nma. N'uzo di otua, anyi ga eji nwayo si n'Ofufe-Nru nke akwukwo nke ochie nke wekwara anyi anya gafete na nke ohuu. Ka onye obula nwe ike inye Chineke ofufe nke zuru oke.

Ya mere, anyi na-ekele Onye Nnukwu Ukochukwu anyi, His Lordship, Rt. Rev. Nathan Kanu (PhD, Amb.P), Bishop nke Aba Ngwa North, n'ihi ohere oma o nyere anyi ijere Chineke ozi n'uzo di otua. Anyi na-ekelekwa ndi Ukochukwu ndi anyi na ha lukoro olu a n'ihi igbasi nbo ike ha. N'otu aka ahu anyi na-ekele ndi Ukochukwu nile nke di Dayosisi nke Aba Ngwa North n'ihi inye aka ha na-igughari akwukwo a tupu ebiputa ya.

N'ikpe azu, anyi na-enye Chineke otuto onye bu inye aka anyi na mgbe ochie na olileanya anyi ugbu a. O bukwa ebe izonari ifufe na Ulo ebighi ebi anyi.

Nwee ofufe nke juputara na Mmoo Nso.



**Ven. Precious Okereke**
*Onye Isi Oche,*
Otu Haziri Akuwukwo Usoro Ofufe -Nru a
*(Oktoba, 2017)*



## USORO NHAZI

**Ihu Akwukwo**


| | | |
|---|---|---|
| Akara Akwukwo Nke Isi-Okwu | - - - | i |
| Okwu Nmalite | - - - - - | ii |
| Okwu Nkowa | - - - - - | iii |
| Usoro Nhazi | - - - - - | iv |
| Usoro Nke Ekpere Ututu Na Anyasi (1) | - - | 1 |
| Usoro Nke Ekpere Ututu Na Anyasi (II) | - - | 10 |
| Usoro Nke Oriri Nso Ma Obu Yukarist | - - | 18 |
| Usoro Nke Baptizm Di Nso | - - - - | 42 |
| Nbata Nke Ndinyom N'Ulo Chineke | - - | 52 |
| Usoro Inye-Ike | - - - - - | 56 |
| Usoro Nke Nkpobata | - - - - | 62 |
| (i) Otu Ndi Nne | - - - - - | 62 |
| (ii) Otu Guild Ndinyom | - - - - | 64 |
| (iii) Otu Guild Umu-agbogho | - - - | 65 |
| (iv) Otu Umu-agbogho Olileanya | - - | 66 |
| (v) Otu Ndi Nna | - - - - - | 67 |
| Okwu Nmalite Ekpere | - - - - | 69 |
| Kolekt | - - - - - - - | 78 |

# USORO NKE EKPERE UTUTU NA EKPERE ANYASI

## (USORO NKE MBU)

1. **ABU**

2. *(Mmadu nile ga eguzo oto, aga-agba nkiti nwa oge)*

**Onye Ozi:** Ka anyi fee Chineke, Onye nweanyi mehee egbugbere onu anyi.

**Mmadu niile:** Onu anyi ga-ekwuputakwa otuto Gi.

3. **AHIRI OKWU**

*(Aga aguputa otu ahiri okwu, ma obu karia nke kwesiri n'ebea)*

4. **OKU MAKA OFUFE NRU**

(a) **Onye Ozi:**

Anyi nile gbakotara dika otu ezin'ulo nke Chineke n'iru Nna anyi, ka anyi nye Ya otuto na ekele. Ka anyi nuru ma narakwa okwu Ya di nso; Ka anyi butere Ya mkpa nile nke uwa, ka anyi rio Ya mgbaghara mmehie nile anyi, ma choo amara Ya. Ka anyi sitekwa na Okpara Ya, JIsos Kraist nye onwe anyi n'ije ozi Ya. Ka anyi gbuo ikpere n'ala kwuputa mmehie anyi nye Chineke nke puru ime ihe nile.

**MA OBU**

(b) Umu-nnam m'huru n'anya nke ukwu, Akwukwo Nso n'ezi anyi n'ebe di iche iche k'anyi kwere otutu mmehie anyi na ajo omume anyi, k'anyi kwuputa ha, k'anyi ghara izobe ma obu kpuchie ha n'iru Chineke, bu Nna anyi nke elu igwe, Nke puru ime ihe nile; kama k'anyi kwuputa ha n'obi nke di ume-





ala, nke nwayo, nke ncheghari na nke inu-okwu, k'anyi wee nata ngbaghara mmehie anyi site n'obi oma Ya na ebere – Ya na-adighi agwu agwu. O bu ezie na O kwesiri k'anyi n'ekwere nmehie – anyi n'iru Chineke n'obi di ume-ala mgbe nile: Ma O kwesiri ka anyi n’eme kari otu ahu mgbe anyi nokoro, zukokwa n'otu, k'anyi kele Ya ekele n'ihi oke ihe oma nile nke anyi natara n'aka Ya; ka anyi gosi otuto nke kwesiri Ya n'ezie n'iru ora madu; ka anyi nuru Okwu – Ya nke kasi di nso; ka anyi rio ihe nile nke kwesiri anyi, n’akpa anyi, ma n'aru ma na nkpuruobi nke anyi. O bu n'ihi nka ka m n'ekpere unu, nario unu, ka unu ha no n'ebea, ka unu sorom n'obi ocha na olu di ume-ala, we je n'oche-eze amara nke eluigwe. *(Ka anyi gbue ikpere n'ala n'obi nwayo)*.

(c) **NKWUPUTA MMEHIE**

**Onye Ozi:** Ka anyi gba nkiti nwa oge n'iru Chineke, ma were ohere a nyochaa onwe anyi.

**Onye Ozi:** Ka anyi nile kwuputa nmehie nke ora mmadu.

**Mmadu niile: (a)** Chineke nke puru ime ihe niile, Nna anyi nke elu-igwe, anyi emehiewo megide Gi na mmadu ibe anyi, n'ime echiche, na okwu, na omume, site na nleda anya, na adighi ike nke anu-aru anyi, site kwa na njo di iche iche anyi kpachapuru anya mee. O na-ewute anyi n'ezie; anyi ewere obi anyi nile chegharia na mmehie anyi nile. N'ihi Okpara Gi Jisos Kraist, Onye nwuru n'ihi anyi, gbaghara anyi ihe nile nke gara aga; kwee kwa ka anyi na-efe

Gi ofufe n'ime ndu ohu, ka ototo na nsopuru wee diri Aha Gi. Amen.

**MA OBU**

**(b)** Nna-ayi nke puru ime ihe nile, Onye kasi ebere; Ayi ejehiewo, kpafu kwa n'uzo Gi ka aturu furu efu, Ayi sokariri izuzu na ochicho nke obi ayi. Ayi emebiwo iwu Gi di nso. Ayi arapuwo ime ihe kwesiri ka ayi me; Ayi emewo kwa ihe nekwesighi ka ayi me. Ezi ndu adigh n'ime ayi. Ma Gi, Onye-nwe-ayi, mere ayi ebere, ayi ndi ojo nke di imere ebere. Chineke, rapu ndi kwuputara ihe ojo ha mere. Weghachi ndi necheghari uche ha; Dika nkwa-Gi nke ikwere madu nile nime Kraist Jesus, bu onye-nwe ayi. Kwe, Nna nke kasi ebere, n'ihi Ya; ka ayi we si ugbu a diba ndu iyi Chineke, na nke ezi omume, na ndu anya-udo, ka otutu we diri Aha nso Gi. Amin

*(Ukochukwu ga-eguzo oto, welie aka ya elu, ma kwuputa kwa ntopu-na-ngbaghara nke mmehie)*

**Ukochukwu:(a)**Chineke nke puru ime ihe niile, Onye na agbaghara mmehie nke ndi nile chegharirí n'ezie, Ka O mere unu ebere, ka O gbaghara unu, zoputakwa unu n'aka mmehie unu nile: ka O nye unu ike, gbakwaa unu ume n'ezi-ihe niie, ka O weta unu na ndu ebighi ebi, site na Jisos Kraist bu Onye-nwe-ayi. Amen.

**MA OBU**

**Ukochukwu:(b)**Chineke, nke puru ime ihe nile, Nna nke Onyenweanyi Jisos Kraist, Onye nachogh onwu nke Onye mmehie, kama ka o si n'ajo omume ya puta, ka O we di ndu; Onye were ike na iwu nye ndi ozi Ya, ka ha we kwuwa gukwara ndi Ya Ntopu na Ngbaghara nke mmehie – ha, ebe ha chegharirí: O gagbaghara topukwa





ndi nile chegharirí n'ezie, ndi n'ejigh aghugho kwere Ozioma Ya di nso. N'ihi nka ka anyi rio Ya ka O nye ayi ezi nchegharí na Mo Nso Ya, ka ihe nile anyi neme ugbu a we too Ya uto, ka ndu anyi foduru we si ugbua na-adi ocha na nso; n'ikpeazu ka anyi we bia n'onu ebighi-ebi nke Ya, site na Jisos Kraist, bu Onyenweanyi. Amen.

**MA OBU**

*(Mgbe Ukochukwu na-anoghi ya,kama aga agu Ntopu na Ngbaghara Mmehie, Onye Ozi ma obu Deacon na ora mmadu ga-esonye na-ekpere)*

**Onye Ozi:** Nwa aturu Chineke, Onye na-ebupu mmehie nke uwa

**Mmadu niile:** Meere anyi ebere

**Onye Ozi:** Gi, onye na-ebupu mmehie nke uwa

**Mmadu niile:** Nara ekpere anyi

**Onye Ozi:** Keere anyi obi di oche O Chineke, ma tinye n'ime anyi mmoo di ohuu na nke ziri ezi.

**Mmadu niile:**Atufukwala anyi n'iru Gi; anarakwala anyi Mmoo Nso Gi.

**Onye Ozi:** Nyeghachi anyi onu nke nzoputa Gi, were kwa Mmoo Gi kwagide anyi.

**Mmadu niile:** Amen

*(Mmadu nile ga-eguzo oto)*

**Mmadu niile:**Otuto diri Nna, na Okpara na Mmoo Nso, Otu o diri na mbu ka O di ugbua, O ga digide otu a rue mgbe nile ebighi ebi. Amen.

5. **ABU MA O BU KANTIKL MA O BU ABU OMA**

6. **IHE MMUTA NKE SITERE N'AGBA OCHIE**

*(Onye ga-agu ya ga-amalite otu a "Nurunu Okwu Chineke dika edere ya" "aha Akwukwo, Isi na Amokwu". Mgbe o gusiri, O ga-asi otu a "Nke a bu okwu Chineke". Mmadu nile ga-asikwa "Ekele diri Chineke")*

7. **ABU MA OBU KANTIKL**

8. **IHE MMUTA NKE SITERE N'AGBA OHUU**
*(A ga-agu kwa ya dika esi guo na nke agba ochie)*

9. **SONDE SKUL**

10. **ABU MAKA OKWU CHUKWU**

11. **OKWU CHUKWU**

12. **OKWUKWE NKE NDI OZI**
*(Mmadu nile ga-eguzo oto)*

**Mmadu niile:** Ekwe m na Chineke bu Nna, Nke puru ime ihe nile, Onye kere Eluigwe na uwa. Ekwe m na Jisos Kraist, naani otu Okpara Ya bu Onyenweanyi. Onye a turu ime Ya site n'ike Mo Nso, Nwagbogho na-amaghi nwoke bu meri, muru Ya, O huru ahuhu n'ubochi Pontios Pilate, akpogidere Ya n'obe, o nwua, e lie Ya, O ridara n'ala mo, n'ubochi nke ato, O siri na ndi nwuru anwu bilie ozo, O rigoro n'eluigwe, O na-anodu n'aka nri Chineke bu Nna, nke puru ime ihe niile; N'ebe ahu ka o ga-esi bia, ikpe ndi di ndu na ndi nwuru anwu.
Ekwem na Mo Nso, na Nzuko Katolik nke ndi nso, na nnweko nke Ndi Nso, Na mgbaghara mmehie, na mbilite n'onwu nke aru, na ndu ebighi ebi. Amen.





**Onye Ozi:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Ka O nonyekwara gi

**Onye Ozi:** Ka anyi kpere Chineke
Onyenweanyi mere anyi ebere

**Mmadu niile:** Kraist mere anyi ebere

**Onye Ozi:** Onyenweanyi mere anyi ebere

**Mmadu niile:** Nna anyi nke bi n'eluigwe, ka aha Gi di Nso, ka alaeze Gi bia, ka eme ihe I na-acho, dika esi eme ya n'eluigwe, ka emekwa ya otu ahu n'uwa. Nye anyi nri taa nke ga-ezuru anyi n'ubochi taa, gbaghara anyi ihe ojoo nile anyi mere, otu anyi onwe anyi si gbaghara ndi mere anyi ihe ojoo, edubala anyi n'ime onwunwa, ma doputa anyi n'aka ajo ihe. Amen.

*(Onye ozi ga-eguzo oto)*

**Onye Ozi:** Onyenweanyi, mee ka anyi hu ebere Gi

**Mmadu niile:** Nyekwa anyi Nzoputa Gi

**Onye Ozi:** Onyenweanyi, duzie ma chekwaa ndi na-achi anyi

**Mmadu niile:** Nyekwa ha amamihe nke si n'elu bia

**Onye Ozi:** Were eziomume yikwasi ndi ozi Gi

**Mmadu niile:** Meekwa ka ndi I rotara nuria onu

**Onye Ozi:** Onyenweanyi zoputa ndi nke Gi

**Mmadu niile:** Gozikwa ihe nketa Gi

**Onye Ozi:** Onyenweanyi nye udo na mgbe anyi

**Mmadu niile:** N'ihi na o dighi onye obula ozo na-aluru anyi ogu ma obughi nani Gi Chineke.

**Onye Ozi:** Chineke, mee ka obi anyi di ocha n'ime anyi

**Mmadu niile:** Ewepukwala Mo Nso Gi n'ime anyi

13. **KOLEKT**

*(Onye ozi ga-egbu ikpere n'ala, ma gukwa kolekt ndia)*

(a) **Kolekt maka ubochi ahu**

(b) **Kolekt maka Ekpere Ututu**

(i) Chineke, Onye wetara udo, Onye huru idinotu n'anya, Onye imara Gi bu inwe ndi ebighi ebi, Onye ofufe ana-efe Gi bu ipuzu n'oru dum; na-aluru anyi ogu, bu ndi oru Gi di umeala n'obi, na mmegide nile nke ndi iro anyi; ka anyi ghara itu egwu ike Onye obula na-emegide anyi, ebe anyi tukwasiri obi na Gi ga-aluru anyi ogu; site n'ike Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Amen

(ii) Onyenweanyi, Nna anyi nke eluigwe, Chineke nke puru ime ihe nile, nke di ndu ebighi ebi, Onye wetara anyi n'udo we rue n'ututu ubochi taa; were ike ukwu Gi luara anyi ogu n'ime ya; kwe ka anyi ghara idaba na mmehie obula taa, ka anyi ghara ibanye





n'ihe ize ndu obula ma ka edozie omume anyi nile site na nchiko Gi, ime ihe ziri ezi n'anya Gi mgbe nile, site na Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Amen.

(c) **Kolekt maka Ekpere Anyasi**

(i) Chineke, Onye nke ochicho nso, na ezi izu nile na olu ziri ezi n'esite n'aka Gi; Nye ndi nejere Gi ozi udo ahu nke uwa napughi inye ha; ka obi anyi wee guzosie ike n'idebe ihe nile I nyere n'iwu, anyi onwe anyi kwa, ebe I negbopuru anyi egwu ndi-iro anyi, ka anyi we nano ubochi anyi nile n'izu-ike na udo. Site n'olu oma nke Jisos Kraist bu onye nzoputa anyi. Amen.

(ii) Mee ka ochichiri anyi gho ihe, anyi na-ario Gi, Onyenweanyi; were ebere ukwu Gi gbopuru anyi ihe-egwu na ihe –ize ndu nke abali taa; n'ihi ihu-n'anya Okpara Gi, I muru nani Ya, Jisos Kraist bu Onye-nzoputa anyi. Amen.

14. **EKPERE MAKA IKELE EKELE NA IRIO ARIRIO DI ICHE ICHE**

*(Onye Ozi nwere ike iwere ufodu ekpere n'ime usoro ekpere nke di na akwukwo ekpere ma obu kpe ekpere di iche iche dika nkpa ndi mmadu si di)*

15. **EKPERE NMECHI**

(I) **Ekpere nke St. Chrysostom**

Chineke nke puru ime ihe nile, onye nyeworo anyi amara ugbu a, ka anyi were otu obi bute aririo-anyi n'iru Gi n'ogbo, Gi onye kwere si na mgbe madu abua ma obu ato zukoro n'aha Gi I ganu aririo ha; Onye nwe anyi mezue ochicho na aririo nke ndi-oru Gi ugbu

a, otu oga-adichasiri ha ezi nma; nye anyi omuma nke eziokwu Gi n'uwa nke a, na ndu ebighi-ebi n'uwa nke nabia.

Amen.

(ii) **Amara**

Ka amara nke onyenweanyi Jisos Kraist, n'ihu-n'anya nke Chineke, na nnweko nke Mmo Nso, diyere anyi ugbu a na mgbe nile. Amen.

16. **ONYINYE**

*(Abu ma obu ukwe)*

17. **ABU NMECHI**

18. **NGOZI**

*(Ukochukwu ga-ahoro otu n'ime Ngozi ndia. Mgbe Ukochukwu na-anoghi, onye Deacon ma obu onye ozi ga-agu amara)*

**Ukochukwu:**

(i) Ka Chineke nke udo, onye sitere na ndi nwuru anwu kpolite Onyenweanyi Jisos Kraist, Nnukwu Onye ozuzu Aturu, site n'obara nke ogbugba ndu ebighi ebi, mee ka unu zue oke n'ezi ihe nile, ka unu wee mee uche Ya; Ya meekwa ka unu ghoo ihe O choro ka unu buru, site na Jisos Kraist, Onye otuto na Nsopuru diri mgbe nile ebigh ebi. Amen.

(ii) Gaanu ije unu n'uwa n'udo, nwenu ume, jidesienu ezi ihe ike, unu enyeghachila onye obula ihe ojo n'onodu ihe ojo, gbanu ndi na-ada mba ume, kwagidenu ndi ike-gwuru, nyerenu ndi no n'nkpa aka, nasopuru Chineke, nyekwa ndi Eze ugwu ha, ma hukwanu otu umunna n'anya, na nurinu onu n'ike nke Mmo Nso; ka ngozi nke Chineke, nke





puru ime ihe niile, bu Nna, na Okpara, na Mo nso diri n'etiti unu, dinyekwara unu, ugbu a na mgbe niile.

(iii) N'aka Amara and Nchekwa nke Chineke ka m na-enyefe unu; Ka Onyenweanyi gozie unu ma chebe unu, ka Onyenweanyi duo unu ma kpuchie unu, ka O mee ka ebube nke ihuoma Ya muo n'aru unu, ka O nye kwa unu udo, ugbu a na mgbe niile.

19. **OKWA**

20. **ABU EJI APU**

21. **NGBASA**

**Onye Ozi:** Onyenwenanyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Onyenweanyi gozi Gi

**Onye Ozi:** Lanu n'udo

**Mmadu niile:** Amen

## (USORO NKE ABUA)

*(Mmadu niile ga-eguzo oto, mgbe ahu, Onye Ozi ga-ewere olu nkpu si)*

(1) **Onye Ozi:** Onyenweanyi nonyere unu
**Mmadu niile:** Onyenweanyi gozie gi
**Onye Ozi:** Ka anyi fee Chineke ofufe

(2) **ABU** *(Enwere ike iwere ukwe)*

(3) **AHIRI OKWU** *(Onye ozi ga-ewere nke kwesiri ekwesi)*

(4) **Onye Ozi:** Dika anyi na-abiaru nso Chineke anyi di nso, anyi na-amata na anyi emehiewo, na

anyi erughikwa ototo Ya. Ya mere, ka anyi were obi di umeala gbue ikpere n'ala, ma kwuputa kwa mmehie anyi.

**Mmadu niile:** Chineke, Onye na-ekpe anyi ikpe ziri ezi na Nna anyi Onye ebere; anyi na-ekwuputara Gi na anyi emehiewo megide Gi, n'echiche, n'okwu na n'omume. Anyi kweyere na ikpe nmehie anyi mara anyi. Meere anyi ebere, anyi na-ario Gi, ma gbaghara anyi n'ihi ihunanya I gosiri anyi n'ime Jisos Kraist, Onye nwuru ma dikwa ndu ozo n'ihi anyi. Nye anyi ezi ncheghari site n'ike nke Mo Nso, ma nyere anyi aka ihapu uzo ojoo nile, wee fee Gi ofufe n'ime ndu ohuu. Anyi na-ario nke a site n'Onyenweanyi bu Jisos Kraist. Amen.

**Ukochukwu:** Ka Chineke nke puru ime ihe nile na Nna nke ebere, nye unu ngbaghara na nsachapu nke nmehie unu, na oge idozi ndu unu, na amara na nkasiobi nke Nmo Nso Ya, Amen.

*(Oburu na Ukochukwu anoghi n'ofufe nro ahu, Onye Deacon ma obu onye ozi, ga-agu ekpere a n'onodu ntopu-na-ngbaghara nmehie)*

**Onye Ozi:** Anyi nario Gi, Onyenwenayi di ebere, ka I nye ndi kwere na Gi ngbaghara-nmehie na udo, ka ewe sachapu nmehie niile ha, ha ewere kwa uche di nwayo nejere Gi ozi, site na Jisos Kraist bu Onyenweanyi., Amen

**Onye Ozi:** Ebe anyi matara na Chineke





agbagharawo anyi nmehie anyi nile, n'ihi Jisos, Nwa-aturu Chineke, Onye nwuru n'ihi anyi, ka anyi sopuru Ya site na-ikwu si.

**Mmadu niile:** Nzoputa diri Chineke onye na-anokwasi n'oche eze ahu, dikwara Nwa aturu ahu! Amen. Ngozi nile, na otuto nile, na amamihe nile, na ekele nile, na nsopuru nile, na ike nile, na ume nile, diri Chineke anyi, rue mgbe nile ebighi ebi. Amen.

**Onye Ozi:** I mesowo ndi oru Gi nke oma, O Chineke

**Mmadu niile:** Dika okwu Gi si di.

**Onye Ozi:** Onye agoziri agozi ka I bu Onyenweanyi

**Mmadu niile:** Kuziere anyi uzo Gi

**Onye Ozi:** Okwu Gi bu oriona diri ukwu anyi

**Mmadu niile:** Obukwa ihe diri okporo uzo anyi

(5) **ABU OMA**

(6) **IHE MMUTA NKE SITERE N'AGBA OCHIE**

(7) **KANTIKL MA OBU ABU**

(8a) **IHE MMUTA NKE SITERE N'AGBA OHUU**
(b) **SONDE SKUL**

(9) **ABU MA OBU KANTIKL**

(10) **OKWU CHUKWU**

11) **ABU MA OBU UKWE NDI KWAYA**

(12) **OKWUKWE NKE NDI OZI** *(Mmadu nile ga-eguzo oto)*

**Mmadu niile:** Ekwem na Chineke bu Nna, nke puru ime ihe nile, Onye kere eluigwe na uwa. Ekwem na Jisos Kraist, naani otu Okpara Ya, bu Onyenweanyi, Onye a turu ime ya site n'ike Mo Nso, Nwa-agbogho na-amaghi nwoke bu meri, muru Ya, O huru ahuhu n'ubochi Pontios Pilate, akpogidere Ya n'obe, O nwua, elie Ya, O ridara n'ala Mo, n'ubochi nke ato, O siri na ndi nwuru anwu bilie ozo, O rigoro n'eluigwe, O na-anodu n'aka nri Chineke bu Nna, nke puru ime ihe niile. N'ebe ahu ka O ga-esi bia, ikpe ndi di ndu na ndi nwuru anwu, Ekwem na Mo Nso, na Nzuko Katolik nke di nso, na nnweko nke Ndi Nso, na mgbaghara nmehie, na mbilite n'onwu nke ndi nwuru anwu, na ndu ebighi ebi. Amen.

**Onye Ozi:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Ka O nonyekwara gi

**Onye Ozi:** Ka anyi kpere Chineke
Onyenweanyi mere anyi ebere

**Mmadu niile:** Kraist mere anyi ebere

**Onye Ozi:** Onyenweanyi mere anyi ebere

**Mmadu niile:** Nna anyi nke bi n'eluigwe, ka aha Gi di Nso, ka alaeze Gi bia, ka eme ihe I na-acho, dika





esi eme ya n'eluigwe, ka emekwa ya otu ahu n'uwa. Nye anyi nri taa nke ga-ezuru anyi n'ubochi taa, gbaghara anyi ihe ojoo nile anyi mere, otu anyi onwe anyi si gbaghara ndi mere anyi ihe ojoo, edubala anyi n'ime onwunwa, ma doputa anyi n'aka ajo ihe. Amen.

*(Onye ozi ga-eguzo oto)*

**Onye Ozi:** Onyenweanyi, mee ka anyi hu ebere Gi

**Mmadu niile:** Nyekwa anyi nzoputa Gi

**Onye Ozi:** Onyenweanyi duzie ma chekwa ndi na-achi anyi.

**Mmadu niile:** Nyekwa ha amamihe nke si n'elu bia.

**Onye Ozi:** Were eziomume yikwasi ndi ozi Gi.

**Mmadu niile:** Meekwa ka ndi irotara nuria onu.

**Onye Ozi:** Onyenweanyi zoputa ndi nke Gi.

**Mmadu niile:** Goziekwa ihe nketa Gi.

**Onye Ozi:** Onyenweanyi nye udo na mgbe anyi.

**Mmadu niile:** N'ihi na o dighi onye obula ozo, na-aluru anyi ogu ma o bughi naani Gi, Chineke.

**Onye Ozi:** Chineke, mee ka obi anyi di ocha n'ime anyi

**Mmadu niile:** Ewepukwala Mo Nso Gi n'ime anyi

*(Onye Ozi ga-egbu ikpere n'ala, ma gukwa kolekt ndia)*

(a) **Kolekt maka ubochi ahu**

(b) **Kolekt maka ekpere ututu**
(Ichineke, Onye wetara udo, Onye huru idinotu n'anya, Onye imara Gi bu inwe ndu ebighi ebi, Onye ofufe ana-efe Gi bu ipuzu n'oru dum; na-aluru anyi ogu, bu ndi oru Gi di umeala n'obi, na mmegide nile nke ndi iro anyi; ka anyi ghara itu egwu ike Onye obula na-emegide anyi, ebe anyi tukwasiri obi na Gi ga-aluru anyi ogu; site n'ike Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Amen.

(ii) Onyenweanyi, Nna anyi nke eluigwe, Chineke nke puru ime ihe nile, nke di ndu ebighi ebi, Onye wetara anyi n'udo rue n'ututu ubochi taa; were ike ukwu Gi luara anyi ogu n'ime ya; kwe ka anyi ghara idaba na mmehie obula taa, ka anyi ghara ibanye n'ihe ize ndu obula, ma ka edozie omume anyi nile site na nchiko Gi, ime ihe ziri ezi n'anya Gi mgbe niile, site na Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Amen.

(c) **Kolekt maka Ekpere Anyasi**

(i) Chineke, Onye nke ochicho nso, na ezi izu nile na olu ziri ezi n'esite n'aka Gi; Nye ndi nejere Gi ozi udo ahu nke uwa napughi inye ha; ka obi anyi wee guzosie ike n'idebe ihe nile I nyere n'iwu, anyi onwe anyi kwa, ebe I negbopuru anyi egwu ndi-iro anyi, ka anyi we nano ubochi anyi nile n'izu-ike na udo. Site n'olu oma nke Jisos Kraist bu onye nzoputa anyi. Amen.





(iii) Mee ka ochichiri anyi gho ihe, anyi na-ario Gi, Onyenweanyi; were ebere ukwu Gi gbopuru anyi ihe-egwu na ihe-ize ndu nke abali taa; n'ihi ihu-n'anya Okpara Gi, I muru nani Ya, Jisos Kraist bu Onye-nzoputa anyi. Amen.

(13) **ABU** *(ma obu ukwe)*

(14) **EKPERE MAKA NKPA DI ICHE ICHE**

(a) (*Onye Ozi nwere ike iwere ufodu ekpere n'ime usoro ekpere nke di n'akwukwo ekpere ma obu kpe ekpere di iche iche dika nkpa ndi mmadu si di)*

(b) **Ekpere nke St. Chrysostom**
**Onye Ozi:** Chineke nke puru ime ihe nile, Onye nyeworo anyi amara ugbu a ka anyi were otu obi bute aririo-anyi n'iru Gi n'ogbo: Gi onye kwere si na mgbe mmadu abua ma-obu ato zukoworo n'aha Gi I ganu aririo ha: Onye nwe anyi mezuo ochicho na aririo nke di oru Gi ugbu a, otu ogadichasiri ha ezi nma: nye anyi omuma nke ezi-okwu n'uwa nka, na ndu ebighi ebi n'uwa nke na bia. Amen.

**MA OBU**

© Chineke nke puru ime ihe niile, isi-iyi nke amamihe, Onye mara nkpa nke anyi tutu anyi ario, na amaghi-ihe anyi n'irio aririo; anyi nario Gi ka I mere adigh ike anyi ebere; na ihe nile anyi nenweghi ike irio n'ihi ekwesighi-ekwesi anyi, nke anyi napughi kwa irio n'ihi ikpu-isi anyi, Gi wedata kwa onwe Gi nye anyi ha n'ihi ikwesi ekwesi nke Okpara Gi, Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Amen.

(15) **AMARA**
Ka amara nke Onyenwenanyi Jisos Kraist, na ihunanya nke Chineke, na nnweko nke Mo Nso, diyere anyi ugbu a na mgbe nile. Amen.

(16) **ONYINYE** (*Abu ma obu ukwe)*

(17) **NGOZI** *(Ukochukwu ga-ekwuputa ya)*

(18) **ABU***(Nke eji apu)*

(19) **NGBASA**
*(A ga-enwe oge nke igba nkiti)*

**Onye Ozi:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Onyenweanyi gozie gi

**Onye Ozi:** Lanu n'udo

**Mmadu niile:** Amen.





# USORO NKE ORIRI NSO MA O BU YUKARIST

1. **ABU** *(Maka nbata)*
2. **NKWADEBE** *(A ga-agu ahiriokwu kwesiri n'ebe a)*

**Ukochukwu:** M ga-agozi Jehova mgbe niile
**Mmadu niile:** Mgbe nile ka otuto Ya ga adi n'onu m.

**Ukochukwu:** Sonu m mee ka Jehova di ukwu,
**Mmadu niile:** Ka anyi bulikoo aha Ya elu n'otu

**Ukochukwu:** Nkaa bu ubochi Jehova meworo
**Mmadu niile:** Anyi ga-eteghari egwu onu, ma nurikwa onu n'ime ya.

**MA OBU ADVENT/LENT**
**Ukochukwu:** Gozie Jehova, bu onye na-agbaghara mmehie anyi niile.
**Mmadu niile:** Ebere Chineke na-adi rue mgbe ebighi ebi.

**MA O BU KRISTMAS**
**Ukochukwu:** A muworo anyi Kraist, Onyenweanyi
**Mmadu niile:** Bianu ka anyi kpoo isi ala nye Ya.

**MA OBU UBOCHI ISTA RUE PENTIKOST**
**Ukochukwu:** Aleluya! Kraist ebiliwo!
**Mmadu niile:** O biliwo n'ezie, Aleluya!

**MA OBU PENTIKOST**
**Ukochukwu:** Onyenweanyi no n'ebe a
**Mmadu niile:** Mo Ya nonyere anyi.

3. **KOLEKT MAKA IDI OCHA NKE OBI**

**Mmadu niile:** Chineke nke puru ime ihe nile, Gi onye obi nile ghere oghe n'iru Gi,

Onye maara ochicho nile, Onye ana-adighi ezo ihe nzuzo o bula n'anya Gi:
Sachaa echiche nke obi anyi, site na-ikunye ume nke Mo Nso Gi, ka anyi wee hu Gi n'anya nke oma. Wee bulie aha nso Gi ka osi kwesi, site na Kraist bu Onyenweanyi. Amen.

4. **OTUTO DIRI CHINEKE N'ELU**

(*Enwere ike gua ya, ma o bu buo ya, madu nile ga-eguzokwa oto).*

**Mmadu niile:** Otuto diri Chineke n'ebe kasi elu, udo dikwara ndi Ya n'uwa. Onyenweanyi Chineke, Eze nke eluigwe. Chineke bu Nna nke puru ime ihe nile. Anyi na-asopuru Gi, anyi na-enye Gi ekele, Anyi na-eto Gi n'ihi ebube Gi, Onyenweanyi Jisos Kraist, nani otu Okpara nke Nna.
Onyenweanyi Chineke, Nwa aturu Chineke, I na-ebupu mmehie nke uwa, mere anyi ebere; I na-anodu ala n'aka nri nke Nna, nara ekpere anyi. N'ihi na nani Gi bu Onye Nso ahu. Nani Gi bu Onyekachasi elu, Jisos Kraist tinyere Mo Nso. N'otuto nke Chineke bu Nna. Amen.

5. **NCHIKOTA NKE IWU:**

*(Ukochukwu ga-ekwu nke a n'olu mkpu)*

**Ukochukwu:** Onyenweanyi Jisos Kraist kwuru si: "Nuru, Israel, Onyenweanyi bu Chineke anyi, Onyenweanyi bu otu. I





ga-ahu Onyenweanyi bu Chineke Gi n'anya site n'obi gi dum. Site na mkpuru obi gi dum, site n'uche gi dum site kwa n'ike gi dum. Nke a bu iwu nke mbu. Nke abua yiri nke ahu, nke ahu bukwa: I ga-ahu mmadu ibe gi n'anya dika onwe gi. O dighi iwu ozo kariri ndi a. Iwu dum na ndi amuma Chineke na-ekokwasi n'ihe abua ndi a enyere n'iwu.

**Mmadu niile:** Onyenweanyi mere anyi ebere, dee iwu Gi niile ndia n'obi anyi, anyi na-ario Gi.

**MA O BU**

**KYRIE ELEISON**

**Ukochukwu:** Onyenweanyi mee ebere
**Mmadu niile:** Onyenweanyi, mee ebere

**Ukochukwu:** Kraist, mee ebere
**Mmadu niile:** Kraist, mee ebere

**Ukochukwu:** Onyenweany, mee ebere
**Mmadu niile:** Onyenweanyi, mee ebere

**MA O BU**

**TRISAGION**

**Ukochukwu:** Chineke di Nso
**Mmadu niile:** Onye di nso dikwa ukwu. Onye di Nso nke na-adighi anwu anwu mere anyi ebere.
**Ukochukwu:** Chineke di Nso
**Mmadu niile:** Onye di Nso dikwa ukwu. Onye di nso nke na-adighi anwu anwu meere anyi ebere.

**Ukochukwu:** Chineke di Nso
**Mmadu niile:** Onye di Nso dikwa ukwu. Onye di Nso na-adighi anwu anwu meere anyi ebere.

6. **NKWUPUTA NMEHIE**

*(A ga agu ufodu n'ime ahiriokwu ndia, ma obu ndi ozo kwesiri:)*

**Ukochukwu:** Chineke huru uwa n'anya karisia na O nyere nani Okpara Ya bu Jisos Kraist ka O zoputa anyi na mmehie anyi nile; ka O buru onye na-ekpechitara anyi onu anyi n'elu igwe, wetakwa anyi na ndu ebighi ebi.

Nurunu okwu St. Paul kwuru, okwu a kwesiri ntukwasi obi, kwesi kwa ka a nara ya nke oma na uzo nile obula, na Kraist Jisos biara n'uwa n'ihi ndi nmehie

Nurunu okwu St. Jon kwuru: "O buru na onye obula emehie, anyi nwere otu onye na-ekwu onu anyi n'ebe Nna anyi no, Ya bu Jisos Kraist, bu onye ezi omume. Ya onwe Ya bukwa ihe ijuru Chineke obi banyere mmehie nile anyi.

*(A ga-agba nkiti nwa oge)*

**Ukochukwu:** Ka anyi werenu obi ncheghari na okwukwe kwuputa mmehie anyi nile, ka anyi zubesie ike idebe ihe niile Chineke nyere n'iwu, ka anyi na mmadu nile na-ebikwa n'ihunanya na udo; ka anyi gbuenu ikpere n'ala n'obi nwayo.

**Mmadu niile:** Chineke nke puru ime ihe niile, Nna anyi nke eluigwe, anyi emehiewo megide Gi na mmadu ibe anyi, n'ime echiche na





okwu na omume, site na nleda anya anyi, na adighi ike nke anu aru anyi, sitekwa na njo di iche iche anyi kpachapuru anya mee. Anyi ejeghi ije ka o kwesiri dika ochicho nke Kraist si di, anyi kporo aha Kraist, ma anyi esighi n'ihe ojoo wezuga onwe anyi, o na-ewute anyi ezie. Anyi ewere obi anyi nile chegharia na mmehie nile anyi. N'ihi Okpara Gi Jisos Kraist, onye nwuru n'ihi anyi, gbaghara anyi ihe nile nke gara aga; kweekwa ka anyi na-efe Gi ofufe, n'ime ndu ohuu, ka otuto wee diri aha Gi. Amen.

**Ukochukwu:** Chineke nke puru ime ihe nile, Onye na-agbaghara mmehie nke ndi nile chegháriri n'ezie, ka O meere unu ebere, ka Ogbaghara unu, zoputakwa unu n'aka mmehie unu nile, ka O nye unu ike; gbakwa unu ume n'ezi ihe nile; ka O weta unu na ndu ebighi ebi, site na Jisos Kraist bu Onyenweanyi.

**Mmadu niile:** Amen.

7. **KOLEKT**

**Ukochukwu:** Onyenweanyi nonyere unu
**Mmadu niile:** Ka O nonyekwara gi
**Ukochukwu:** Ka anyi kpere Chineke

*(Ukochukwu ga-agu ma o bu kwee kolekt diri ubochi ahu)*

8. **OFUFE NRU NKE OKWU CHINEKE**

i. **Ihe Mmuta Sitere N'Agba Ochie**
*(Onye aroputara igu ya, ga-amalite otu a) "Nurunu okwu Chineke dika edere ya n'akwukwo ….. isi nke…, ama okwu nke ……"*
*Mgbe O gusiri o ga-asi; "nke a bu okwu Chineke; ebe ndi mmadu ga-azaso si, "Ekele diri Chineke").*

ii. **Abuoma**

iii. **Akwukwo Ozi** *(Onye aroputara igu akwukwo ozi ga-asi otua)"Edere akwukwo ozi, n'akwukwo….. degara ndi….. isi….. amaokwu…, mgbe o gusiri o ga-asi; 'nke a bu okwu Chineke; ebe ndi mmadu ga asi; 'ekele diri Chineke'.*

iv. **Kantikl ma o bu Abu (**Maka "Gradual")

v. **Ozioma:**
*Onye aroputara igu ozioma ga-asi otua "Edere ozioma di nso dika…dereya, isi nke… malite n'amaokwu….*

vi. Mgbe a aguputara ozioma, mmadu nile ga-asi, *"Otuto diri Kraist onye nzoputa anyi". (Mgbe o gusiri, o ga-asi "Nke bu ozioma Kraist) Ndi mmadu ga-aza si "Ekele diri Kraist onye nweanyi"*

vii. **Abu** *(Enwere ike ihapu ya)*

viii. **Okwuchukwu**

9. **OKWUKWE NKE NICEA**
*(Mmadu niile ga-eguzo oto)*
**Mmadu niile:** Anyi kwere n'otu Chineke bu Nna,
Nke puru ime ihe nile;
Onye kere eluigwe na uwa,
Na ihe nile anya na-ahu, na nke anya





nadigh ahu.
Anyi kwere n'otu Onyenweanyi,
Jisos Kraist, nani otu Okpara Chineke,
Onye Nna mutara tutu uwa nile adi
Chineke nke putara na Chineke,
Ihe nke putara n'ihe,
Ezi Chineke nke putara n'ezi Chineke.
Onye a mutara amuta, ma ekeghi Ya eke,
Onye ya na Nna Ya bu otu udi.
Onye esitere n'aka Ya we kee ihe nile,
N'ihi anyi bu mmadu na n'ihi nzoputa anyi;
O siri n'eluigwe ridata;
O yiri anu aru mmadu.
Nke aru nwagbogho na-amaghi nwoke bu Meri,
Ewee mee Ya madu.
N'ihi anyi, a kpogidere Ya n'obe n'ubochi Pontios Pailet; Ohuru ahuhu onwu elie Ya.
N'ubochi nke ato, O siri n'onwu bilite ozo.
Dika Akwukwo Nso si kwu;
O rigooro n'eluigwe,
O na-anodu n'aka nri nke Nna.
O ga-abiakwa ozo n'otuto,
Ikpe ndi di ndu na ndi nwuru anwu,
Ala-eze Ya kwa agaghi enwe ogwugwu,
Anyi kwere na Mo Nso,
Onyenweanyi, na onye na-enye ndu,
Onye si na Nna na Okpara puta.
Onye ana-ekpere na-etokwa
Ya na Nna na Okpara n'ogbo.
O kwuru okwu site n'onu ndi amuma.
Anyi kwere n'otu Katolik na Apostolik Chochi di nso
Anyi kwere n'otu Baptism
N'ihi mgbaghara mmehie,

Anyi na-ele anya mbilite n'onwu nke ndi nwuru anwu,
Na ndu nke uwa ga-abia abia. Amen.

## 10. EKPERE NA IRIO ARIRIO MAKA ORA MMADU

**(A)**

**Ukochukwu:** Onyenweanyi, n'ebere Gi.

**Mmadu nile:** Nunu ekpere anyi

**Ukochukwu:** Ka anyi kpe ekpere maka nzuko Kraist n'uwa. Ka anyi kelee Chineke n'ihi idi nma Ya.

Chineke nke puru ime ihe nile, Nna anyi nke eluigwe, I kwere nkwa site N'Okpara Gi Jisos Kraist, inu olu anyi mgbe anyi jiri okwukwe kpokue Gi.

Nye… bu Primate anyi, na… bu Archbishop anyi, Na… Bishop anyi, na nzuko Gi dum ike na ume n'ozi ha na-ejere Kraist; ka ndi nile na-ekwuputa aha Gi, di n'otu na-igbasa eziokwu Gi, bikorita n'ihunanya Gi, wee mee ka ebube Gi puta ihe n'uwa nile.

Gozie, duziekwa ndi na-achi ala anyi. Nye ha amamihe, bu ndi nile enyere ike ochichi, duzie mba nke a, na mba nile ozo n'uzo ikpe ziri ezi na udo; ka umu mmadu wee nyerita ibe ha nsopuru, ma chokwa odinma mmadu nile.





Nye anyi na ezin'ulo anyi, na ndi enyi anyi, na ndi agbataobi anyi nile amara, ka anyi wee fee Kraist site n'ijeritara ibe anyi ozi, hukwa mmadu ibe anyi n'anya dika Ya onwe ya hukwara anyi.

Kasie ha obi, gwookwa oria ha, bu ndi nile no n'ihe ufu nke anu aru, ahuhu nke uche, na nke mo ha…, Nye ha ntachi obi na olile anya n'ime nsogbu ha nile, wetakwara ha onu ahu nke sitere na nzoputa Gi.

Nuru olu anyi mgbe anyi na-echeta ndi nile nwuru n'ime okwukwe nke Kraist…, di ka nkwa Gi nile si di, kenye anyi na ha oke n'ala eze ebighi ebi nke Gi.

Ebe anyi na-anuri onu na nnweko nke (N… na nke) ndi nso Gi nile, anyi na-aranye onwe anyi na ndi Kraist nile n'aka ihunanya Gi nke na-adigide mgbe nile.

Nna nke ebere.

**Mmadu niile:** Nara ekpere anyi ndia, n'ihi Okpara Gi Jisos Kraist bu Onye Nzoputa anyi. Amen

**MA O BU**

**(B)**

**Ukochukwu:** Ka anyi kpee ekpere maka Nzuko Chineke dum nke di n'ime Kraist Jisos. Ka anyi kpeekwa ekpere maka mmadu nile dika mkpa ha nile si di.

Chineke, Gi onye okike na onye nchebe nke mmadu nile, anyi na-ario Gi maka mmadu nile n'ebe nile nke uwa, ka inyere ha aka na mkpa ha di iche iche: mee ka amara uzo Gi n'uwa. Marakwa ike nzoputa Gi n'etiti mba niile (Anyi na-ario Gi karisia maka…)
Onyenweanyi, n'ebere Gi.

Anyi na-aranye n'aka idi nma Gi dika Nna, Ndi nile no n'ihe-ufu na nchegbu nke uche, ma o bu nke anu aru, kasie ha obi, gbokwara ha nkpa ha nile, nye ha ntachi-obi na ndidi n'ime ahuhu ha nile: (*karisia, anyi na-ario n'ihi....)* Nna nke ebere,

**Mmadu niile:** Nuru ekpere anyi, n'ihi Okpara Gi Jisos Kraist bu onye nzoputa anyi. Amen.

©

***(Ukochukwu nwere ike iso uzo Ekpere ndi ozo dika odi n'akwukwo BCP, ma o bu kpee n'isi okwu ekpere di iche iche ndi ochere di nkpa)***





11. **EKELE NKE UDO**

*(Mmadu nile ga-eguzo oto)*

**Ukochukwu:** Kraist bu udo nke anyi. O mewo ka anyi na Chineke di n'udo n'otu anu ahu site n'obe Ya. Anyi na-ezuko n'aha Ya, na-ekeko oke n'udo Ya.

**Ukochukwu:** Udo nke Onyenweanyi diri unu mgbe nile

**Mmadu niile:** Ya dikwara gi

**Ukochukwu:** Ka anyi keleritanu ibe anyi ekele nke udo

**MA O BU**

**Ukochukwu:** Anyi bu ihe di n'aru Kraist n'ime otu mo ahu ka emere anyi nile Baptizm iba n'otu aru ahu. Ya mere, ka anyi gbasoonu ihe nile na-eweta udo, na nke na-ewulite ndu mmeko nke anyi nwere n'ime Kraist.

Udo nke Onyenweanyi diri unu mgbe nile.

**Mmadu niile:** Ya dikwara gi.

**Ukochukwu:** Ka anyi keleritanu ibe anyi ekele nke udo.
*(N'ebe a, mmadu nile ga-ekelerita ibe ha ekele udo dika ekele enyi na enyi)*

12. **ONYINYE (Ofatiri)**

13. **NKWADEBE NKE IHE ONYINYE**

i. **Ememe nke Ikwo aka**

*(Onye nkesa ga na-ekwuputa okwu ndia mgbe o na-awusa mmiri n'aka)*

A na m akwo akam n'idi ocha Onyenweanyi, ka m wee jeghari n'ebe nso Gi, wee welie olu nke ikele ekele.

**Ukochukwu:** Onye a goziri agozi ka ibu, onyenweanyi Chineke nke ihe nile ekere eke, site n'obi oma Gi, anyi nwere achicha nke a inye. Nke ala meputara, aka mmadu wee dozie ya. O ga-aburu anyi achicha nke ndu.

**Mmadu niile:** Ngozi diri Chineke rue mgbe ebighi ebi. Amen.

**Ukochukwu:** Onye agoziri agozi ka I bu Onyenweanyi, Chineke nke ihe nile ekere eke site n'obi oma Gi anyi nwere mmanya nke a inye. Mkpuru nke osisi vine na olu aka mmadu. O ga-aburu anyi ihe onunu nke mo.

**Mmadu niile:** Ngozi diri Chineke rue mgbe ebighi ebi. Amen.

(*Ukochukwu ga-eweli ihe onyinye elu, ya na mmadu nile ga-asi:)*

**Mmadu niile:** Gi, onwe Gi, Onyenweanyi, ka idi ukwu nile, na ike nile, na otuto nile na ebube nile, na ibu eze nile diri. N'ihi na ihe nile nke di n'eluigwe na nke di n'uwa bu nke Gi. N'ebe I no ka ihe nile si bia, o bukwa site n'ihe I nyere anyi ka anyi na-enyeghachi Gi.

(*Ukochukwu nwere ohere iji ekpereYikarist* I *ma o bu Yukarist* II *n'ebe a)*





14. **EKPERE NKE YUKARIST (I)**

*(Mmadu nile ga eguzo oto)*

**Ukochukwu:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Ka o nonyerekwara gi.

**Ukochukwu:** Bulitenu obi unu

**Mmadu niile:** Anyi ebulite ha nye Onyenweanyi

**Ukochukwu:** Ka anyi nye Onyenweanyi Chineke anyi ekele

**Mmadu niile:** O ziri ezi ka anyi nye Ya ekele na otuto

**Ukochukwu:** Oziri ezi n'ezie,
O bukwa olu anyi na onu anyi inye Gi ekele na otuto, mgbe nile na n'ebe nile, Nna di nso, Eze nke eluigwe, Chineke nke puru ime ihe nile, nke di ndu ebighi ebi site na Jisos Kraist, nani otu Okpara Gi bu Onyenweanyi. hi N'ihi na o bu Okwu Gi ahu nke di ndu; I sitere n'aka Ya wee kee ihe nile site na mbu,

mekwaa anyi n'oyiyi nke Gi. I sitere n'aka Ya mee ka anyi puo n'oru nke mmehie. Ebe I mere ka amuo Ya n'udi mmadu mekwaa ka onwu a n'elu obe; I mere ka O si n'onwu bilie, wee welie Ya elu, ka onodu n'aka nri Gi n'ebe kasi elu.
I sitere n'aka Ya zikwasi n'isi anyi Mo Gi nke na-enye ndu, wee mee ka anyi buuru Gi ndi na ihe onwunwe.
(*N'ebe a, a ga etinye prifes kwesiri*)

Ya mere, anyi na ndi mo ozi, na ndi isi mo ozi, na usuu nile nke eluigwe, na-ekwusa aha ukwu Gi di ebube, na-eto Gi mgbe nile na-asi.

**Mmadu niile:** Nso, Nso, Nso, ka Onyenweanyi di, Chineke nke nwe ike na ume nile, Eluigwe na uwa juputara n'otuto Gi, Hosana n'ebe kachasi elu.

**Ukochukwu:** Onye a goziri agozi ka onye ahu bu, nke na-abia n'aha Onyenweanyi.

**Mmadu niile:** Hosona n'ebe kachasi elu.
(*Mmadu nile ga-egbu ikpere, dika Ukochukwu na-aga n'ihu na ekpere).*

**Ukochukwu:** Nara otuto anyi, Nna nke eluigwe, site n'Okpara Gi Jisos Kraist bu Onye Nzoputa anyi, Kwee ka mgbe anyi na-eso ije ukwu Ya na-edebekwa ihe nile O nyere n'iwu, ka





site n'ike nke Mo Nso Gi, ka ihe onyinye achicha na mmanya ndia buuru anyi aru na obara Ya ezie; Onye naara achicha na otu abali ahu nke a raara Ya nye n'aka ndi iro Ya, wee nye Gi ekele. O nyawaa Ya, wee nye ndi na-eso uzo Ya, si "naranu, rikwa, nke a bu aru m nke a na-enye n'ihi unu; na-emenu nke a ka unu wee na-echeta m". Mgbe ha risiri nri anyasi, O narakwa iko otu aka ahu nyekwa Gi ekele; O nye ha iko ahu si: "Unu nile nua n'ime nke a: nke a bu obara m nke ogbugba ndu ohuu, nke a na-awusi n'ihi unu na n'ihi otutu mmadu, n'ihi mgbaghara mmehie. Na emenu nke a mgbe obula unu ga-anu ya, ka unu wee na-echeta m".
**Ya mere, anyi na-ekwusa ihe omimi nke okwukwe**.

**Mmadu niile:** **Kraist anwuwo!**
**Kraist ebiliwo**
**Kraist ga-abiakwa ozo**

**Ukochukwu:** Ya mere, Nna nke eluigwe, anyi na-echeta aja O jiri onwe Ya chua nani otu mgbe n'elu obe; na-ekwusakwa mbilite n'onwu Ya di ike na nrigo n'eluigwe Ya di ebube. Ebe anyi na-ele anya mgbe O ga-abia ozo n'ebube, anyi ji achicha nke a na iko nke a, na-eme emume otu aja Ya ahu zuru oke.

Nara, site n'aka Ya bu nnukwu Onye

isi Nchu-aja anyi, aja ekele na otuto anyi nke a: Mgbe anyi na-eri, na-anukwa ihe onyinye ndia di nso, n'iru ebube nso Gi bu Chineke, mee ka anyi di ohuu site n'ike mmo Gi. Kunye n'ime anyi mo ihunanya Gi; jikotakwa anyi nile n'ime aru nke Okpara Gi, Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Site na Ya, na nnonyere Ya, na n'ime Ya, site n'ike nke Mo Nso, anyi na ndi nile na-eguzo n'iru Gi n'uwa na n'eluigwe, na-akpo isi ala nye Gi, Nna nke puru ime ihe nile, n'abu nke otuto ebighi ebi.

**Mmadu niile:** Ngozi nile na nsopuru nile, na otuto nile, na ike nile, diri Gi rue mgbe nile ebighi ebi. Amen.

*(A ga-agba nkiti nwa oge)*

**INYAWA ACHICHA AGOZIRI AGOZI**

*(Ukochukwu ga-anyawa achicha ahu edoro nso, na-asi)*

**Ukochukwu:** Achicha nke anyi na-anyawa, o bughi nnweko nke aru Kraist.

*(O ga ebikwasikwa aka n'elu iko ahu si)*

**Ukochukwu:** Iko ahu nke anyi na-agozi, obughi nnweko nke obara Kraist.

**Mmadu niile:** O bu ezie na anyi di otutu, ma anyi bu otu aru. N'ihi na anyi nile na-ekeko oke n'otu achicha ahu.





**MA O BU**

15. **EKPERE NKE YUKARIST II**

*(Madu nile ga-eguzo oto dika onye nkwusa chere ha iru na-asi:)*

**Ukochukwu:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Ka O nonyekwara gi

**Ukochukwu:** Bulitenu obi unu

**Mmadu niile:** Anyi ebulite ha nye Onyenweanyi.

**Ukochukwu:** Ka anyi nye Onyenweanyi Chineke ekele.

**Mmadu niile:** O kwesi ka, o ziri ezi ka anyi mee otu a.

**Ukochukwu:** O kwesiri, o ziri ezi. O bukwa olu anyi ezie, ka anyi na-ekele Gi ekele. Mgbe nile n'ebe nile. Onyenweanyi, Nna di nso nke puru ime ihe nile, Chineke onye di ndu ebighi ebi.

(*Okwu mmalite nke a ga-eso, ma o bu okwu mmalite ozo kwesiri dika usoro ogugu mgbe n'aro si di)*

Site na Jisos Kraist bu Okpara Gi Onyenweanyi, Onye I sitere n'aka Ya wee kee eluigwe na uwa na ihe nile di n'ime ha. Imekwara mmadu n'oyiyi nke Gi; mgbe o dabakwara n'ime mmehie, Igbaputakwara ya ibu mkpuru mbu nke okike ohuu.

**Mmadu niile:** Ya mere, anyi na-eto, na-ebulikwa aha otuto Gi, anyi na ndi Mo ozi, na ndi isi Mo ozi na usuu nile nke eluigwe, na-eto Gi, mgbe nile, na-asi: Nso, Nso, Nso, Onyenweanyi Chineke nke usuu nile nke ndi agha, eluigwe na uwa juputara n'otuto Gi, otuto diri Gi Jehova nke kachasi ihe nile elu. Onye a goziri agozi ka Onye ahu bu nke biaworo, nke na-abia n'aha Onyenweanyi, Hosana n'ebe kachasi elu.

**Ukochukwu:** I di nso n'ezie, I di ngozi n'ezie, Nna nke eluigwe, Onye sitere n'obi nro nke Gi n'ebe mmadu no wee nye Jisos Kraist, bu nani otu Okpara Gi I yikwasi onwe Ya udi mmadu anyi bu wee hu ahuhu onwu n'elu obe n'ihi mgbaputa nke anyi. Onye sitere n'ife ofufe O weere onwe Ya fee nani otu mgbe, wee chua n'ebe ahu otu aja zuru ezu, nke zukwara oke, Gbookwa mkpa, bu ife ofufe na ihe juru afo, n'ihi mmehie nke uwa nile, O kakwara, nyekwa anyi iwu n'ime ozi oma Ya di Nso ka anyi na-echetagide onwu Ya di oke onu mgbe nile rue mgbe o ga-abia ozo; Onye naara achicha n'otu abali ahu. Nke a raara Ya nye n'aka ndi iro Ya (*Ukochukwu ga eburu efere achicha n'aka*). Mgbe O kelesiri ekele, O nyawaa ya (*Ukochukwu ga anyawa achicha*), O nye ndi na-ezo uzo Ya





si, “Naranu, rikwaa, (*Ukochukwu ga emetu achicha ndi ahu aka)* Nke a bu aru m nke ana-enye n'ihi unu, na-emenu nke a ka unu wee na echeta m”.

Mgbe ha risiri nri anyasi O narakwa iko otu aka ahu, (*Ukochukwu ga ebuli iko mmanya elu*) Mgbe O kelesiri ekele, O nye ha si, “Unu niile nua n'ime nke a (*O metu iko ahu aka*) n'ihi na nke a bu obara m nke ogbugba ndu ohuu nke ana-awusi n'ihi unu, na n'ihi otutu mmadu n'ihi mgbaghara mmehie, na-emenu nke a, mgbe o bula unu ga-anu ya ka unu wee na echeta m”.

**Mmadu Nile:** Amen. Onwu Gi, Onyenweanyi, ka anyi na-echeta, mbilite n'onwu Gi ka anyi na-ekwuputa; obibia Gi nke abuo ka anyi na-echerekwa, otuto diri Gi, Kraist

**Ukochukwu:** Ya mere, Nna, mgbe anyi na –echeta onwu na ahuhu nke obe Gi di oke onu, na mbilite n'onwu na nrigo n'eluigwe di ebube'nke Okpara Gi bu Onyenweanyi, Anyi bu ndi odibo Gi na-eme nkea iji cheta Ya dika O nyere anyi n'iwu rue mgbe O ga-abia ozo, anyi na-enye Gi ekele n'ihi mgbaputa zuru oke nke I luru anyi n'ime Ya.

**Mmadu Nile:** Anyi na-enye Gi ekele
Anyi na-eto Gi,
Anyi na-ebuli otuto Gi elu
Onyenweanyi Chineke anyi

**Ukochukwu:** Anyi ji obi dikariri umeala ario Gi
Nna nke ebere
ka I were Mo Nso Gi
doo anyi na ihe onyinye Gi ndia nso,
bu Achicha na Mmanya a
ka Achicha nke a anyi na-anyawa
buru nweko nke ahu Kraist
Kwee, ka ebe ejikoro anyi n'otu nime Ya ka anyi nile rue idi n'otu ahu nke okwukwe na-etokwa eto n'ihe nile rue Ya, bu isi anyi O bu na Kraist ahu, bu Onyenweanyi,
Onye anyi sitere n'aka Ya, na nnonyere Ya, n'ime idi n'otu nke Mo Nso Gi na-asi Nsopuuru nile na otuto nile diri Gi Nna nke puru ime ihe nile rue uwa ebighi ebi.

**Mmadu Nile:** Amen
*(A ga-agba nkiti nwa oge)*

**15) AGNUS DEI**
*(Madu nile ga –egbu ikpere)*

**Ukochukwu:** Nwa aturu chineke, I na–ebupu mmehie nke uwa
**Mmadu Nile** Meere anyi ebere

**Ukochukwu:** Nwa aturu chineke, I na ebupu mmehie nke uwa





**Madu Nile:** Meere anyi ebere

**Ukochukwu:** Nwa aturu chineke, I na-ebupu mmehie nke uwa

**Mmadu Nile:** Nye anyi udo

**16) EKPERE NKE MBIARU UMEALA**
***(Mmadu nile ga-egbu ikpere n'ala)***

**Mmadu Nile:** Anyi azobanyeghi ukwu Ibia na teble Gi nke a, Onyenweanyi, Onye ebere Dika anyi tukwasiri obi n'ezi omume Onwe anyi; Kama anyi tukwasiri obi n'otutu ebere ukwu Gi. Anyi ekwesigh itutuko irighiri nri n'okpuru tebel Gi. Ma Gi bu otu Onyenweanyi ahu, Onye nwe ime ebere mgbe nile Ya mere, kwee Onyenweanyi, Onye amara, Ka anyi si otu a rie anu aru nke Jisos Kraist; bu Okpara Gi; I huru n'anya Ka anyi sikwa otu a nua obara Ya, Ka anyi wee biri n'ime Ya Ka Ya onwe Ya wee birikwa n'ime anyi mgbe nile, Amen.

**17) *Tupuu ekesa ihe oriri nso, onye nkwusa ga-ekwu n'olu mkpu si)***
**Ukochukwu:** Werenu okwukwe biarue nso,
nara aru nke Onyenweanyi Jisos Kraist, nke O nyere n'ihi unu, na obara Ya nke O wusiri n'ihi unu,
rienu, nukwaanu, na-echetanu
na-Onwuru n'ihi unu, werenu
ya mee nri n'obi unu site
n'okwukwe na ikele ekele .

**MA O BU**

**Ukochukwu:** Nye ndi nso ihe di nso
O buru na onye obula di nso, Ya
Bia: o buru na onye obula
adighi nso, ya chegharia
Onyenweanyi no n'ebe a.

**Mmadu Nile:** Nani otu Onye di nso
Otu Onyenweanyi ahu bu Jisos
Kraist n'otuto nke Chineke bu
Nna, Onye agoziri rue mgbe nile
ebighi ebi. Amen.

**18) NKESA ORIRI NSO NYE ORA MMADU (Abu)**

**19) ABU MAKA NSACHA**
**(*ONYE NKESA GA-ASACHA IHE EJI NYEE ORIRI NSO DIKA MMADU NILE NA–ABU ABU NKE NSACHA)***

**20) EKPERE MGBE A NATASIRI ORIRI NSO**
***(Onye Ukochukwu nwere ike igu otu ahiriokwu kwesiri ekwesi n'ebe a)***

**Ukochukwu:** Dika Onye nzoputa anyi kuziri anyi,
otua ka anyi na ekpe si–--

**MMADU NILE:** Nna-anyi, Nke bi n'elu-igwe,
Ka Aha Gi di nso.
Ka ala-eze Gi bia. Ka eme ihe I
nacho, dika (esi eme ya) n’elu
igwe, (ka eme kwa ya) otu ahu
n’uwa. Nye anyi nri ta nke ga ezuru
anyi n’ubochi ta. Gbaghara





anyi ojo nile anyi mere, otu anyi
onwe anyi si gbaghara ndi mere
anyi ihe ojo. Edubala anyi n'ime
onwunwa; Ma doputa anyi n'aka
ajo ihe N'ihi na ala-eze bu nke Gi,
Na ike, Na otuto, mgbe nile mgbe
nile. Amen.

***(E nwere ike ikpe otu ekpere ma obu karia nke dabara n'ebe a)***

**Ukochukwu:** Nna nke mmadu nile,
Anyi na-enye Gi ekele na otuto
N'ihi na mgbe anyi ka no n'ebe di
anya, I zutere anyi n'ime Okpara Gi
wee kpolata anyi n'ulo site n'inwu,
dikwa ndu ozo, O kowaara anyi
amara, meghekwara anyi onu uzo
ahu na-eduba n'otuto.
Kwee, ka anyi nile bu ndi nketa n'aru
Kraist, soro Ya di ndu nke mbilite
n'onwu Ya, ka anyi nile ndi na-anu
n'ime iko Ya wetara ndi ozo ndu; ka
anyi bu ndi Mo Nso na-enye ihe
burukwa ihe n'uwa, mee ka anyi
guzosie ike n'ime olileanya ahu nke
edebere n'iru anyi, ka anyi na umu
Gi nile wee nwere onwe anyi, ka ndi
bi n'uwa dum di ndu nani ito aha Gi,
site na Kraist bu Onyenweanyi.

**MMADU NILE:** Amen.

**MA O BU**

**MMADU NILE:** Chineke nke puru ime ihe nile anyi
na-ekele Gi n'ihi na iwerewo aru
na Obara nke Okpara Gi Jisos
Kraist we zua anyi.

Site n'aka Ya, anyi na –eche
N'iru Gi, mkpuru obi anyi na aru
Anyi, ka o buru aja di ndu achuuru Gi
Zipu anyi n'ike nke Mo Gi
Idi ndu na ilu olu ga-enye Gi otuto na nsopuru. Amen.

*(Onye nkwusa nwere ike igu ngozi nke a, ma obu ozo)*

**Ukochukwu** Ka udo nke Chineke, nke kariri nghota mmadu, chebe obi unu na echiche uche unu, n'omuma na Ihunanya nke Chineke na nke Okpara Ya Jisos Kraist, bu Onyenweanyi;
Ka ngozi nke Chineke nke puru ime ihe nile, bu Nna, na Okpara, na Mo Nso di n'etiti unu, dinyekwara unu mgbe nile

**MMADU NILE:** Amen.

21) **ABU A GA-EJI APU**
*(E nwere ike igu abu obula mgbe ndi ozi na apu)*

22) **MGBASA**

**Ukochukwu:** Laanu n'udo, ihu Onyenweanyi na-anya, na ife Ya ofufe

**Mmadu Nile:** N'aha Kraist. Amen.





## USORO NKE BAPTIZM DI NSO

1) **ISI MMALITE**

Umu Chineke ndi m huru n'anya, baptizm bu emume mkpobata n'ime otu nzuko Kraist. O bu ihe diiri nwata na okenye, ma nwoke ma nwanyi

Nkea bu na nrube isi nye iwu nke Onyenweanyi Jisos Kraist si- o buru na amughi mmadu site na mmiri na Mo Nso o pughi-iba n'alaeze Chineke. Ebe o bu na ana enwogha ohuu ndi nile amuru n'ime nmehie site n'okwukwe nime Jisos, Sakrament a buru anyi ihe ama na ihe-imesike nke omumu ohuu na ido anyi ka umu n'ime ezinulo Chineke. Ya mere, umu ntakiri nile ndi a kpobatara maka baptism site n'okwukwe ndi muru ha na ndi nkwado ha, na okenye ndi batara na ya site na ncheghari na okwukwe ga-abuzi ndi e menworo ohuu n'ime Kraist.

Site na baptizm nke a ha aburula ndi ha na Kraist na –ekekota oke site na mbilite n'onwu ya, burukwa ndi alaeze ya ebighiebi

2) ***(Ndi Nkwado ga-asi)***

Anyi na-akpoputa ndi a ka ha nara Sakrament nke baptizm na kwa, ka ewe mee ha ndi otu Kraist na nzuko ya

*(Oburu na onye a ga-akpobata nwere ike iza n'onwe ya, onye ozi ga-aju ya ajuju. Ma o buru nwata, ndi muru ya na ndi nkwado ya ga azatara ya).*

**Ukochukwu:** I choro ka e mee gi baptism?

**Oziza:** Nke ahu bu ihe m choro

*(Ma o buru nwatakiri, Ukochukwu ga aju ndi muru ya na ndi nkwado ya)*

**Ukochukwu:** I ga-ewere ya dika oke na olu gi ihu na azuputara nwatakiri nkea n'ibi ndu n'okwukwe nke ndi Kraist?

**Oziza:** Aga m eme otu a Chineke buru onye inye aka m

**Ukochukwu:** I ga na-eleta nwa nke a mgbe nile, ihu na akpotara ya n'ulo nso mgbe nile?

**Oziza:** Aga m eme otu a Chineke buru onye inye akam

**Ukochukwu:** I ga na –echeta nwa nke a n'ekpere gi mgbe nile?

**Oziza:** Aga m eme otu a Chineke buru onye inyeaka m

**3) NKWUPUTA OJUJU MMEHIE:**

*(Ebe echesiri ndi nile a ga-eme baptizm n'iru Ukochukwu, ha ga-ekwuputa ojuju mmehie n'onwe ha, mao buru na ha bu umuntakiri, ndi muru ha na ndi nkwado ha ga-ekwuchitere ha)*.

**Ukochukwu:** Tupu gi aburu onye e mere baptizm na onye otu Kraist na nzuko ya, I ghaghi ikwuputa irube isi gi n'ime Kraist nakwa ijuchasi ekwensu na ihe ojoo nile .Ijuru ekwensu na ike ochichiri nile na –enupu isi megide Chineke?

**Oziza:** Ajuru m ekwensu na olu ya nile.





**Ukochukwu:** I na echeghari na mmehie gi nile?

**Oziza:** A na m echeghari

**Ukochukwu:** I juru ekwensu na ike mo ojoo nile nke n'ebu agha megide Chineke

**Oziza:** Ajuru m ha nile

**Ukochukwu:** I juru ike ojoo nile nke uwa nke na-emeru uwa nemebikwa ihe Chineke kere?

**Oziza:** Ajuru m ha nile

**Ukochukwu:** I juru aguu nmehie nile nke na adopu gi n'ihunanya Chineke?

**Oziza:** Ajuru m ha nile

**4) NKWUPUTA OKWUKWE NKE NDI KRAIST**

*Mmadu nile ga-eguzo oto, Ukochukwu ga –agwa ndi a ga-eme baptizm na ndi nkwado ha si;*

**Ukochukwu:** Ugbua agwa m unu ndi a gaje ime baptizm ka unu kwuputa okwukwe nke ndi Kraist nke e mere anyi baptizm n'ime ya, nakwa iwere onwe unu nye n'ije ozi nke Onyenweanyi. I na-echigharikute Kraist Jisos?

**Oziza:** Anam echigharikute Kraist

**Ukochukwu:** I na-anabata Yadika onye nzoputa na Onyenwe gi?

**Oziza:** Ana m anabata Ya

**Ukochukwu:** I na –atukwasi obi gi n'amara na ihunaya Ya?

**Oziza:** Ana m atukwasi ya obi

**Ukochukwu:** I na-ekwe nkwa iso na irubere ya isi dika Onyenwe gi ubochi nile nke ndu gi?

**Oziza:** Ana m ekwe nkwa ime otu a

**Ukochukwu:** I kwere na Chineke bu Nna?

**Oziza:** Ekwere m na Chineke bu Nna, nke puru ime ihe nile, Onye kere eluigwe na uwa.

**Ukochukwu:** I kwere na Jisos Kraist, Okpara nke Chineke?

**Oziza:** Ekwe m na Jisos Kraist nani otu Okpara Ya bu Onyenweanyi Onye a turu ime Ya site n'ike Mo Nso,Nwagbogho na-amaghi nwoke bu Meri muru ya; O huru ahuhu n'ubochi Pontios Pailet, akpogidere ya n'obe, O nwua, e lie Ya, O ridara n'ala Mo, n'ubochi nke ato Osiri na ndi nwuru anwu bilie ozo, O rigoro n'eluigwe, O na-anodu n'aka nri Chineke bu Nna, n'ebe ahu ka o ga-esi bia ikpe ndi di ndu na ndi nwuru anwu.

**Ukochukwu:** I kwere na Chineke bu Mo Nso?

**Oziza:** Ekwe m na Mo Nso, Nzuko Katolik nke di Nso na nnweko nke ndi Nso na mgbaghara mmehie na mbilite n'onwu nke ndi nwuru anwu na ndu ebighi ebi. Amin





**Ukochukwu:** Nke a bu okwukwu nke nzuko Kraist

**Mmadu nile:** Nke a bu okwukwe anyi. Anyi kwere ma tukwasikwa obi n'otu Chineke, Nna, Okpara na Mo Nso.

**Ukochukwu:** I ga na –ahu Chineke gi n'anya site n'obi gi dum, sitekwa na mkpuru obi gi dum, sitekwa n'ike gi dum na onye agbata obi gi dika onwe gi?

**Oziza:** Agam eme otua, Chineke buru onye inye aka m.

**Ukochukwu:** I ga-anogide n'ozizi na nnweko nke ndi ozi, na kwa Inyawa achicha na Ekpere?

**Oziza:** Aga m eme otua, Chineke buru onye inye aka m.

**Ukochukwu:** I ga-anogide n'iguzogide ihe ojoo, nakwa mgbe o bula I dabara na mmehie, chegharia ma loghachikute Onye nweanyi?

**Oziza:** Aga m eme otua Chineke buru onye inye aka m

**Ukochukwu:** I achuso ikpe ziri ezi na udo n'etiti mmadu nile, ma nyekwa mmadu nile nsopuru ruuru ha?

**Oziza:** Aga m eme otu a, Chineke buru onye inye aka m

**5) EKPERE MAKA NDI AGA-EME BAPTISM**

(*N'ebe a otu nime ndi na-akwado onye a ga-eme baptism ga edu na litani nke a).*

**Onyendu:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu nile:** Ka o nonyekwara gi

**Onyendu:** Ka anyi kpee ekpere maka mmadu ndi a ndi ga-anata Sakrament nke Baptizm nkea.

*(Ora mmadu nwere ike gbue ikpere n'ala ma obu guzo oto)*

**Onyendu:** Onyenweanyi mere ayi ebere

**Mmadu nile:** Kraist, mere ayi ebere

**Onyendu:** Onyenweanyi mere ayi ebere

**Mmadu nile:** Nna ayi nke bi n'eluigwe, ka aha Gi dinso, Ka ala eze Gi bia, ka e mee uche Gi n'uwa dika n'eluigwe. Nye ayi taa nri ubochi ayi gbaghara ayi mmehie nile ayi otu ayi si gbaghara ndi nile mehiere ayi. Edubala ayi n'ime onwunwa ma doputa ayi n'aka ajo ihe. N'ihi na alaeze, na ike na otuto bu nke Gi ugbu a na mgbe nile. Amen.

**Onyendu:** Gbaputa ha Onyenweanyi, site n'ihi ojoo nile, doputa ha n'uzo nke mmehie na onwu.

**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi

**Onyendu:** Mehee obi ha nye amara Gi na ezi okwu Gi
**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi





**Onyendu:** Debe ha n'ime okwukwe na nnweko nke nzuko Gi di nso

**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi

**Onyendu:** Kuziere ha ihu ndi ozo n'anya n'ike nke Mo Nso

**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi

**Onyendu:** Mejue ha n'ime Mo Nso Gi, nke na-enye ndu

**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi

**Onyendu:** Nye ha ike dika I na-ezipu ha ugbua igba ezi ama nye ihunanya Gi

**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi

**Onyendu:** Kpota ha rue n'ozuzu oke nke udo na otuto Gi
**Mmadu nile:** Onyenweanyi nuru ekpere ayi

**Mmadu nile:** Kwee, Onyenweanyi ka ndi nile e mere baptizm iba n'onwu nke Okpara Gi Jisos Kraist di ndu n'ike nke mbilite n'onwu Ya ma lee anya obibia Ya di ebube, onye na-adi ndu na-achikwa achi ugbu a rue mgbe ebighi ebi. Amen.

**6) Abu**

**7. IGOZI MMIRI**

**Ukochukwu:** Onyenweanyi nonyere unu

**Mmadu nile:** Ka o nonyerekwara Gi.

**Ukochukwu:** *Ka ayi kpeere Chineke*

Chineke nke puru ime ihe nile, Nna anyi nke eluigwe, onye emere Okpara Gi bu Jisos Kraist baptizm n'osimiri Jodan. Anyi na-ekele Gi n'ihi onyinye nke mmiri e ji asachapu ma-atutekwa ayi. Ayi na-ekele Gi n'ihi na site na mmiri nke osimiri uhie, I duputara ndi nke Gi pua n'oru na agbu rue nnwere onwe n'ala nke nkwa ahu. Anyi na-ekele Gi n'ihi na, site n'ogbu mmiri nile nke onwu, I weputara Okpara gi ma mee ka O si n'onwu bilie na mmeri.

Ayi na-ekele Gi Nna n'ihi mmiri, nke baptizm. Site n'ime ya e likoro ayi na Kraist n'onwu Ya. Site na ya, anyi na-anata iheama nke mgbaghara nmehie na ido anyi umu Chineke site n'aka Mo Nso .Ayi ji onu nke nrube isi n'ime Okpara Gi, akpobata n'nzuko Ya ndi nile biakutere Ya site n'okwukwe, na-eme ha baptizm n'aha nke Nna, na nke Okpara, na nke Mo Nso.

*(N'ebe a Ukochukwu ga-emetu mmiri ahu aka)*

Ugbu a Onyenweanyi, anyi na-ario Gi, doo mmiri nke a Nso, site n'ike Mo Nso gi ka ndi a ga-eme baptizm n'ime ya ka a sachaa ha na mmehie ha, ebe a muru ha ozo, ka rue mgbe ebighi ebi ka ha wee nogide na ndu nke mbilite n'onwu Jisos Kraist Onyenweanyi na Onye nzoputa ayi. Ka otuto na nsopuru diri Nna, Okpara na Mo

Nso ugbua a na mgbe ebighi ebi. Amen.

**Ukochukwu:** Gua Nwa(Mmadu) nkea Aha

*Ndi na-akwado ha ma o bu ndi muru ha ga-eche ndi a ga-eme baptizm site n'ikpo ha aha n'iru Ukochukwu onye ga-emikpuzi*





*ha n'ime mmiri ma o bu wusa ha mmiri n'otu n' otu na-asi.*

**Ukochukwu:** N…………………………...Emee m gi Baptizm, N'aha nke Nna na nke Okpara na nke Mmoo Nso.

**Mmadu nile:** Amen.

*(Ukochukwu ga-aka ya akara nke obe n'egedege iru)*

**Ukochukwu:** Akaa m gi akara nke obe,I bukwa onye nke Kraist rue mgbe ebighi ebi

**MA OBU**

Anyi a nara nwa (mmadu) nkea n'ime nzuko igwe aturu nke Kraist, anyi a Kaa ya akara nke obe, ka oburu ihe iriba ama na emesia na o gagh eme ihere ikwuputa okwukwe Kraist Onye akpogburu n'obe, na ilu ogu n'okpuru okoloto Ya dika nwoke megide nmehie, na uwa, na ekwensu; ka o guzogide dika ezi onye ogu na oru nke Kraist we rue n'ogwugwu ndu ya.

**Mmadu nile:** Amen

*Ebe a choro ndi na-akwado onye a na-eme baptizm nwere ike yikwasi ya uwe ocha na asi.*

Yiri uwe nke a dika ihe ngosi na I bu onye otu ndi nso n'idi ocha nke obi.

**Mmadu nile:** Ngozi na-adiri ndi di ocha n'obi n'ihi na ha ga ahu Chineke

**MA OBU**

Ayi na-enye akwa ocha nke a dika ihe ngosi nke idi ocha e yikwasiri gi. Ka oburu kwa ihe iriba ama nke e jiri doo gi aka na nti ka I nyefee onwe gi na ndu nke idi ocha ka o ga-abu na ngabiga nke uwa nke a, I ga-abu onye nketa nke ndu ebighi ebi. Amen.

**MA OBU**

*Enwere ike imunye otu oriona nye ya si:*

Nara ihe nke Kraist, igosi na I siwo n'ochichiri baa n'ihe

**Mmadu nile:** Nwue dika ihe n'ime uwa, ka otuto diri Chineke Nna. Amen.

*Mgbe ahu Ukochukwu na mmadu nile ga-eguzo oto na asi onye e mere baptizm:*

**Mmadu nile:** Ayi anabata gi n'ime aru Kraist. Emela ihere ikwuputa okwukwe nke Kraist. Lua ogu dika dike n'okpuru okoloto Ya, megide mmehie, na uwa na ekwensu ma nogidekwa dika ezi onye ogu na oru nke Kraist rue ogwugwu ndu gi. Amen.

*Nebe a ka ofufe nru nke Baptizm gwusiri. Ma o buru na enwere ofufe nru nke Oriri Nso, Ukochukwu na mmadu nile ga-enyerita ekele nke udo. A ga-abu abu mgbe mmadu nile ga-alaghachi n'oche ha. Ofufe nru e wee gaa n'iru site na nkwadebe nke ihe onyinye.*





## NBATA NKE NDINYOM N'ULO CHINEKE
## MA OBU
## (IKELE-EKELE NKE NDINYOM MGBE HA MUSIRI NWA)

*(A ga-agu Abu dika Nwanyi na Nwa ya ga-abia nson'iru Ukochukwu na-ebe nchuaja)*

1. **OKWU NWULI-ELU**

**Onye-Ozi:** Ndi m huru n'anya, imuta nwa bu ihe obi uto nime ndu ezinulo obula. O bukwa oge nke inuri onu n'etiti ndi Kraist. Ya mere anam ario unu ka unu nye Chineke ekele n'ihi onyinye nke nwa, dika ayi na-ewere otu olu si:

**Mmadu niile:** Chineke Nna anyi, Onye mere ihe nile nke di ndu, anyi na-eto Gi n'ihi olu itunanya nke okike. Anyi na-ekele Gi ekele nke si n'obi anyi puta, n'ihi ndu nke nwatakiri a. Anyi na-ekele Gi n'ihi ngozi nke inyere ezinulo a, site na inye ha nwa ohu. Anyi na-ekele Gi n'ihi na-amuputara ya n'udo na n'ihi ohere oma nke ibu Nne na Nna nabata ekele na otutu anyi site na Jisos Kraist bu onye nwe anyi. Amen.

2. **ABU OMA 127 MA OBU 116**

*(O kacha nma o buru na Nwayi muru nwa ga-agu Abuoma nke a. Mgbe o gusiri ya, ora mmadu ga-esonye n'otuto)*

3. **EKPERE**

**Ukochukwu:** Onye nwe anyi nonyere unu

**Mmadu niile:** Ka O nonyerekwara gi

**Ukochukwu:** Ka anyi kpere Chineke

**Mmadu niile:** Nna anyi nke bi n'eluigwe , ka aha Gi di nso , ka Ala eze Gi bia, ka emee uche Gi n'uwa, dika esi eme ya n'eluigwe. Nye anyi nri taa, nke ga-ezuru n'ubochi taa. Gbaghara anyi nmehie anyi niile, otu anyi si gbaghara ndi mehiere anyi. Edubala anyi n'ime onwunwa, ma doputa anyi n'aka ajo ihe; n'ihi naAla-eze, na ike, na otuto bu nke Gi, ugbu a na mgbe nile. Amen.

**Ukochukwu:** Otutu na nsopuru na ike bu nke Gi n'ezie Onyenweanyi Chineke.

**Mmadu nile:** N'ihi na Gi onwe Gi kere ihe nile, sitekwa n'ochicho Gi ka ha nadi ndu.

**Ukochukwu:** Onyenweanyi nwere iru oma Gi lekwasi nwa nke a anya.

**Mmadu nile:** Were idi nma na-azukwa ya

**Ukochukwu:** Kwe ka nwa nke a to n'ijide onwe ya, na n'amara Gi.

**Mmadu nile:** Rue mgbe o ga-abia na nwezu nke okwukwe

**Ukochukwu:** Onyenweanyi nuru ekpere anyi

**Mmadu nile:** Ka akwa anyi rue Gi nti

**Ukochukwu:** *Ka anyi kpere Chineke*
Chineke nke puru ihe nile, anyi na-ekele Gi ekele nke obi di ume ala n'ihi na I wedatawo onwe Gi we naputa nwanyi a, bu oru Gi,





n'aka ihe ngbu uku na ihe ize ndu nke omumu nwa; Anyi na-ario Gi, Nna nke kasi ebere, ka ikwe ka O site n'inye aka Gi, we nadi ndu okwukwe, nejeghari kwa otu I nacho na ndu nke a di ugbu a; ka O we burukwa onye nketa otuto ebighi ebi na ndu gaje ibia site na Jisos Kraist bu onyenweanyi Amen.

*(Emesia Nna na Nne nke nwa ohu nwere ike ikpe ekpere nke a)*

Chinkee Nna anyi, anyi na-enye ekele nke si obi anyi di umeala puta, n'ihi nchekwa nke ichekwara anyi, puo n'aka ihe ngbu na ujo nke omumu nwa. Kwe anyi na-ario Gi, ka site n'inye aka Gi, ka anyi na ebi ndu nke ikwesi-ntukwasi obi, na ime uche Gi; nyere anyi aka I bu Nne na Nna kwesiri ekwesi, nye anyi amamihe na idi-uchu, ka anyi wee zuu nwa nkea n'uzo nke Gi. Ka nwa anyi nke a wee toputa n'obi uto, burukwa onye mara ihe o kwesiri ime mgbe nile, site na Jisos Kraist bu onyenweanyi, Amen.

*O buru na o bughi nwoke na nwayi a muru nwa nke a n'afo ha, Onye ozi ga-ekpe ekpere nke a:*

Chineke nke puru ime ihe nile, onye nenye ihe nile, anyi nekele Gi n'ihi onyinye nke umu nke bu ihe onu nye Nne na Nna. Anyi n'ario gi ka inye Nne na Nna ndi a amara izuputa nwa nkea, nke ha ji itu-egwu na ihunanya nke Chineke nabata n'ezinulo ha dika nke onwe ha. Ka nwa nke a buru ezi onu na ojuju afo nye ndi oru Gi. Kwe ka

amara Gi kpuchie ya puo n'aka oria, ka dikandi nke Kraist, ka ha mezue kwa ebumn'uche nke Chineke. Emesia, Nne na na Nne na nwa aburu ndi nketa Ala eze ebighi ebi site na Jisos Kraist bu onyenweanyi, Amen.

**4. NMECHI**

*O buru na-enwere Oriri nso, aga –aganiru site n'ekele nke udo, o buru na oriri nso adighi, Ukochukwu ga-ezilaga ora madu site na ngozi nke a*

Ka ihunanya nke Onyenweanyi Jisos duru unu bia nso na-ebe o no, ka ike nke Onyenweanyi Jisos gba unu ume n'ije ozi Ya, ka onu nke Onyenweanyi Jisos mejuo obi unu, ka ngozi nke Chineke, nke puru ime ihe nile, bu Nna, na Okpara na Nmo Nso diri n'etitu unu, nonyekwara unu mgbe nile. Amen.





## USORO NKE INYE IKE
## MA OBU
## EBIKWASI AKA N' ISI

### NTUZIAKA

1) *A ga-edo ofufe nru nke a n'oge a ga-enye oriri Nso. Ofufe nru nke a ga-ebido mgbe e debersiri Ofufe nru nke okwu Chineke.E mesia, ofufe nru nke oriri nso ga-amalite site n'ekele nke udo. O buru na a ga-edo ofufe nru nke a na-enweghi oriri nso, a ga-eji ekpere nchikota ma obu ngozi ikpeazu mechie ya.*

2) *Ofufe nru nke inye ike buememe nzuko Kraist malitere mgbe ochie. N'ihi nke a o bu ememe eji eso nzo ukwu nke ndi ozi, n'ibikwasi aka n'isi dika uzo e si anata ngozi Chineke.*

3) *ofufe nke a bukwa oge di nso eji ekwuputa Okwukwe n'iru ora mmadu. O bu emume ebe ndi a ga enye ike ga-eburu ma mesie nkwa ahu e kwetaara ha na baptizm ike; ma werekwa onwe ha nyefechaa Chineke.*

4) *O bu ezi ncheputa nke nzuko Kraist inye iwu ka a ghara inye onye o bula ike a me e bughi uzo kuziere ya ihe di n'iwu iri, okwukwe, ekpere nke Onyenweanyi na ihe ndi ozo onye Kraist kwesiri ka o mara ma kwerekwa n'ihi odi mma nke mkpuru obi ya.*

5) *Achidikon ma o bu Ukochukwu kwadoro ha, ga-eche mmadu ndi a ga-ebikwasi aka n'isi n'iru Bishop.*

**<u>Emesia ije ozi nke okwu chineke, Enwere ike igu Abu, mgbe ahu, ofufe Nrua ga-amalite site na iche ndi aga-</u>**

**ebikwasi aka n' isi n' iru Bishop**

## ICHE NDI AGA –EBIKWASI AKA N'ISI N'IRU BISHOP

**Ukochukwu:** Nna ayi di nsopuru n'ime Onyenweanyi, echem n'iru gi mmadu ndi a maka nbikwasi aka n'isi

**Bishop:** Ndi m huru n'anya n'ime Onyenweanyi, site n'ofufe nru nke nbikwasi aka n'isi. Nzuko Kriaist n'eso nzoukwu nke ndi ozi Kraist mbu. N'ihi-ihe akwukwo nso kwuru n'isi nke asato, nke Olu ndi Ozi si: Ya mere, ndi gbasara jeghariri nezisa ozi-oma, bu okwu Chineke, Filip we rida n'obodo Sameria kwusara ha Kraist ayi. Igwe madu nile we were otu obi nana nti ihe nile Filip nekwu, mgbe ha nuru, hu kwa ihe iriba ama o neme. N'ihi na site na aru otutu ndi nwere muo nadighi ocha ka muo ahu putara, newere oke olu ti nkpu; emekwara ka aru otutu mmadu di ike, bu ndi akuku aru ha nwuru anwu, na ndi dara ngworo. Ma mgbe ha kwere Filip ka o nezisa ozi oma banyere ala eze Chineke n'aha Jisos Kraist ewe me ha baptism, ma ndikom ma ndinyom. Ma mgbe ndi-ozi ndi no na Jerusalam nuru na Sameria anarawori okwu Chineke nke oma, ha zigara ha Pita na Jon; ndi; mgbe ha ridatara, ha kpere ekpere banyere ha, ka ha we nara Muo Nso. N'ihi na okadakwasighi n'isi onye obula n'etiti ha. Obu nani na emere ha-ri baptism iba n'aha Onyenweanyi Jisus. Ma mgbe ha bikwasiri ha aka n'isi, ha we nara mo Nso.

Akwukwo nso ziri ayi n'ebe a na-anaenweta onyinye amara puru iche nke mo Nso site n'ibikwasi aka n'isi na ekpere. Ebe ayi mara na onyinye n'esite nani na-aka Chineke abia. Ka ayi nile ndi no n'ofufe nru a, rio ka Chineke onye puru





ime ihe nile were Mo nso Ya gbajue site n'ibikwasi aka n'isi, ndi a nile esitere na baptizm Nso mee umu Ya.

Ya mere unu nile ndi aga-ebikwasi aka n'isi aghaghi ikwuputa n'iru nzuko nka di Nso, na-obu ochicho na nkwesi-ike unu ezie site n'inye aka nke onyinye a, ibi ndu nke Chineke; ma gosiputakwa n'uzo putara ihe imezu ukpuru na omume nke ndi Kraist bu nke baptizm unu manyere unu ime.

## NKWUPUTAGHACHI NKWA NKE BAPTIZM

***Ndi aga ebikwasi aka n'isi ga-eguzo n'iru Bishop***

**Bishop:** Unu ndi aga-ebikwasi aka n'isi gekwuputaghachi ozo n'ebe, ezi nkwa di nso ekwere n'aha-unu na Baptizm nke unu, na-mbu site n'onu unu na site n'obi unu, iju ajo ihe nile. Unu ga-ekweghachi n'iru Chineke na nzuko nkea nkwa unu kwere ma obu ekwetaara unu na baptizm unu?

**Aziza:** Ekwem

**Bishop:** Ijuru ekwensu na ike ochichiri nile nke n'agba ngba imegide Chineke?

**Aziza:** A jurum ha nile

## MMESIKE NKE OKWUKWE

**Bishop:** Ugbua, na-nweda na-ala n'ebe Kraist no, I ga-ekwe-kwasikwa n'iru Chineke na nzuko nkea na ikwere n'okwukwe nke ndi Kraist bu nke emere gi baptizm nime ya, bu kwa nke I gana-adi ndu ma n'etokwa nime ya. I kwere na Chineke Nna Onye mere elu-uwa dum?

**Aziza:** Ekwere m na tukwasikwa ya obi

**Bishop:** I kwere ma tukwasikwa obi na-okpara ya Jisos Kraist dika onye mgbapuata nke mmadu nile?

**Aziza:** Ekwerem ma tukwasikwa ya obi

**Bishop:** I kwere na Mo Nso Ya, onye n'enye ndu n'ebe ndi nile kwere na ya di?

**Aziza:** Ekwere m ma tukwasikwa ya obi

**Bishop:** I ga n'ebi ndu na-nrube isi n'ebe iwu Chineke no, dika ezigbo onye nzuko ya

**Aziza:** Site n'inye aka Chineke, aga me eme otu a

**IBIKWASI AKA N'ISI**

**Bishop:** Inye aka anyi di n'aha Onyenwanyi

**Madu nile:** Onye kere eluigwe na uwa

**Bishop:** Ngozi diri aha Onyenwanyi

**Madu nile:** Site ugbu a rue mgbe ebighi ebi. Amen

**Bishop:** Chineke nke puru ime ihe nile, onye di ndu ebighi ebi, onye wedatara onwe-gi mua ndi oru Gi ndi a ozo site na miri na Mo Nso, Onye nye-kwara ha mgbaghara nmehie nile ha. Kwe kwa ka Mo Nso Gi biakwasi n'isi ndi oru gi, bu Mo nke ihe omuma, na nghota, mo nke ndumodu na ike, mo nke amaihe na ezi egwu gi ma mee ka ochicho ha di n'itu egwu aha Gi Site na Jisos Kriast bu Onyenwanyi Amen.





***(Ndi aga-ebikwasi aka n'isi ga abia nwayo, ma gbue kwa ikpere n'iru Bishop)***

**Bishop:** Anyi ebikwasi gi aka n'isi, di ike ma nwekwa ume, n'ime Mo Nso maka ije ozi Ya. Amen.

**MA OBU**

Gba pru Gi nke a ume, site n'Mo Nso, nye ya ike ijere Gi ozi. kwegidekwa ya ubochi nile nke ndu ya, Amen.

**Madu Nile:** Onyenweanyi were amara eluigwe Ya lura umu Gi ndia ogu, ka ha wee bugide nke Gi mgbe nile, ka o na abakwa uba kwa ubochi na Mo Nso nke gi, rue mgbe ha ga-abiaru n'ala eze ebighi ebi Gi. Amen

***(Emesia, Bishop ga-edu madu nile na-ekpere a)***

**Bishop:** Nna nke elu-igwe, ayi n'ario maka umu Gi ndia, ndi ayi bikwasiri aka n'isi ugbua ka aka Gi dika Nna digide n'aru ha mgbe nile, ka Mo Nso gi digidere ha. Were aru na obara nke Okpara Gi kwagide ha mgbe nile, ma duba ha na nmuta na irubere okwu Gi isi, ka na mgbe ikpeazu, ha wee nuria n'ozuzu oke nke ndu ebighi ebi, site na Jisos Kraist bu Onyenweanyi, Amen.

***(Bishop ga-amalite kwa ofufe-Nru Nke Oriri Nso site n'Ekele Nke Udo. Ma oburu na Oriri-Nso agaghi-adi ekpe*****re ndia ga-eso)**

**EKPERE MMECHI**

Onyenweanyi mee anyi ngwa-olu nke udo.Ebe ikpoasi di, ka anyi tinye ihunanya; ebe mmeru ahu di, ka anyi weta mgbaghara, ebe enwere adigh n'otu, ka any weta idi n'otu, ebe obi-abua di, ka anyi weta okwukwe, ebe ochichiri di, ka anyi weta ihe, ebe ume-idamba di, ka anyi weta olileanya. Ebe ihe-nwuta di, ka anyi weta onu, nihi ebere na ezi-okwu gi. Amen

## USORO NKE NKPOBATA





## A. NKPOBATA NDINYOM N'OTU NDI NNE (MOTHERS' UNION)

*(Ndi aga-akpobata ga-eguzo oto, nwunye Ukochukwu ga-eche ha n'iru Bishop, mgbe o na si)*

**Nwunye Ukochukwu:** Nna anyi n'ime Chineke kwesiri nsopuru, anyi echee ndinyom ndia n'iru gi, bu ndi anyi juputaworo nke oma banyere ha ma choputakwa na ha kwesiri ekwesi ka akpobata ha nime otu nzuko Ndi Nne nke Dayosis nke Aba Ngwa North.

**Bishop:** Otu ndi Nne nke Dayosis Aba Ngwa North bu otu akuku nke otu ndi Nne nke zuru uwa nile onu. Otu nke a jikotara umunwanyi n'ime ijisike n'ekpere n'ije ozi, ka ewee nye Chineke Otuto, kari, ka olu nzuko Kraist wee gakwa n'iru. Isi ihe eji nwe otu nzuko ndi Nne bu ka ahu na emere ihe nile ka o wee guzosieike bu ilu di na nwunye na ibi obi ezi n'ulo nke ndi otu Kraist.

*(Bishop ga-aju ndiyom ndia ajuju ndia)*

**Bishop:** I na-acho ka akpobata gi dika otu onye nime otu ndi Nne nke Dayosisi nke Aba Ngwa North?

**Oziza:** Nke ahu bu ihe m na-acho

**Bishop:** I na-ekwe nkwa na iga-edebe ebum n'uche ise nke otu Ndi Nne, na-eme ya site ukpuru I nato, site n'omume gi na ikpe ekpere gi?

**Oziza:** A nam ekwe nkwa ime otu a, Chineke buru onye inye akam.

**Bishop:** I ga ahazi ndu gi ka I we di uche na-ibia ofufe nru, imu akwukwo nso, na ikpe ekpere na oge nile?

**Oziza:** Aga m eme otu a

**Bishop:** Guputa ihe ise bu ebum-n'uche nke otu ndi Nne.

*(Ndinyom ndia ana-acho ikpobata ga-agu ya)*

**Bishop:** Guputa ekpere nke otu Ndi Nne

*(Ndinyom ndia ana-acho ikpobata ga-egbu ikpere n'ala, ma gua ekpere ahu). Ha gusia ekpere ahu, Bishop ga-akpobata ha n'otu n'otu na-enye kwa ha akwukwo nke ibu onye otu.*

**Bishop:** Anyi akpobata gi (unu) n'otu Nzuko nke Ndi Nne nke Dayosis nke Aba Ngwa North n'aha nke Nna, na nke Okpara na nke Mo Nso. Amen.

**Bishop:** Nara akwukwo nke a iji na-echeta nkwa ikwere; ka Onyenweanyi nonyere gina ndi nke gi nile, nime opupu gi na mbata gi, site n'ugbu a rue mgbe niile.

*(Mgbe onye obula natasiri akwukwo, Bishop ga-esi)*

**Bishop:** Ka Chineke puru ime ihe niile, Nna, na Okpara na Mo Nso gozie unu na ebe obibi unu, ka O do kwa ndu unu na olu unu na-ahuru Ya nso, ka Onyekwe unu amara nke iguzosi ike rue ogwugwu oge. Amen.

B. **NKPOBATA N'OTU GUILD NKE NDINYOM (WOMEN'S GUILD)**





***(Ndinyom ndi aga-akpobata ga-eguzo oto, Nwunye Ukochukwu ga-eche ha n'iru Bishop, mgbe O na si)***

**Nwunye Ukochukwu:** Nna anyi nime Chineke kwesiri nsopuru, anyi nechee ndinyom ndia n'iru gi, bu ndi anyi juputaworo nke oma banyere ha, ma choputakwa na ha kwesiri ekwesi ka akpobata ha n'otu nzuko Guild Ndinyom nke Dayosis nke Aba Ngwa North.

**Bishop:** I na-acho ka akpobata gi dika otu onye n'ime otu nzuko Guild Ndinyom nke Dayosis nke Aba Ngwa North?

**Oziza:** Nke ahu bu ihe m na-acho.

**Bishop:** I na-ekwe nkwa na I ga-edebe iwu nile nke otu a, na-emekwa ihe nile achoro ka imee?

**Oziza:** Aga, eme otua, Chineke buru Onye inye akam.

**Bishop:** I na-ekwe nkwa irubere ndi-ndu nke otu a isi?

**Oziza:** A ga m eme otu a, Onyenweanyi buru onye inye akam.

**Bishop:** Guputa ebum-n'uche nke otu Guild Ndinyom

*(Ndinyom ndia ga-agukwa ya)*

**Bishop:** Guputa ekpere nke otu Guild ndinyom

*(Ndinyom ndia ga-egbu ikpere n'aka ma gua ekpere ahu)*

*Ha gusia ekpere ahu, Bishop ga-akpobata ha n'otu n'otu, na-enye kwa ha akwukwo nke ibu Onye otu*

**Bishop:** Anyi akpobata gi (unu) n'otu nzuko Guild Ndinyom nke Dayosis nke Aba Ngwa North, n'aha nke Nna, na nke Okpara na nke No Nso. Ka Onyenweanyi gozie unu, na ezinulo unu; ya goziekwa ihe nile unu na-eme n'aha Ya. Amen.

## C. NKPOBATA N'OTU GUILD UMU-AGBOGHO

*(Umu-agbogho ndi aga-akpobata ga-eguzo oto, nwunye ukochukwu ga-echekwa ha n'iru Bishop mgbe o na si)*

**Nwunye Ukochukwu:** Nna anyi n'ime Chineke kwesiri nsopuru anyi echee umu-agbogho ndia n'iru gi, bu ndi anyi jutaworo nke oma banyere ha, ma choputakwa na ha kwesiri ekwesi ka akpobata ha n'otu Guild umu-agbogho nke Dayosis nke Aba Ngwa North.

**Bishop:** I na-acho ka i buru otu onye n'ime otu Guild umu-agbogho nke Dayosis nke Aba Ngwa North?

**Oziza:** Nke ahu bu ihem na-acho

**Bishop** I n'egekwa nkwa na I ga edebe iwu nile nke ndi otua, na-emekwa ihe nile Chineke choro n'aka gi?

**Oziza:** A game me otu a site n'inye aka Chineke

**Bishop:** I na-ekwe nkwa irubere ndi ndu nke otua isi?





**Oziza:** Aga meme otua, Onyenweanyi buru onye inye akam.

**Bishop:** Guputa ebum-n'uche, iwu na nkwa nke otu Guild umu-agbogho

*(Ha ga- agu ha m egbue ikpere n'ala n'ekpere)*

*Ha gusia, Bishop ga-akpobata ha ma nyekwa ha akwukwo ibu onye-otu.*

**Bishop:** Anyi akpobata gi (unu) n'otu Guild umu-agbogho nke Dayosis nke Aba Ngwa North n'aha nke Nna, na nke Okpara, na nke Mo Nso. Ka Chineke gozie unu na olu nile unu na-alu n'aha ya. Amen.

## D. NKPOBATA N'OTU UMU-AGBOGHO NKE OLILEANYA

*(Ndi aga-akpobata ga-eguzo oto, Nwunye Ukowchukwu ga-eche ha n'iru Bishop, mgbe o na si)*

**Nwunye Ukochukwu:** Nna anyi n'ime Chineke kwesiri nsopuru, anyi echee umu-agbogho ndia n'iru gi, bu ndi anyi juputaworo ihe banyere ha nke oma, ma choputakwa na ha kwesiri ekwesi ka akpobata ha n'otu umu-agbogho nke olieleanya nke Dayosis nke Aba Ngwa North.

**Bishop:** I na-acho ka iburu otu onye n'ime otu umu-agbogho nke olileanya nke Dayosis nke Aba Ngwa North?

**Oziza:** Nke ahu bu ihem na-acho

**Bishop:** I na-ekwe nkwa idebe iwu nile nke otua na ime ihe nile Chineke choro n'aka gi?

**Oziza:** Aga meme otua site n'inye aka Chineke

**Bishop:** I na-ekwe nkwa irubere ndi ndu otua isi?

**Oziza:** Aga eme otua, Onyenwenyi buru onye inye akam

**Bishop:** Guputa ebum-n'uche, iwu na olu nke otu umu-agbogbo nke olileanya.

**Bishop:** guputa ekpere nke otu umu-agbogho nke olileanya

*(Ha ga-egbu ikpere n'ala ma guputa ekpere ahu)*
*Ha gusia, Bishop ga-akpobata ha ma nyekwa ha akwukwo nke ibu onye otu)*

**Bishop:** Anyi akpobata gi (unu) n'otu umu-agbogho nke olileanya nke Dayosis nke Aba Ngwa North, n'aha nke Nna, na nke Okpara na nke Mo Nso. Ka Chieneke gozie unu na olu nile unu na-alu n'aha Ya. Amen.

**E. NKPOBATA N'OTU NDI NNA (C.M.F)**

(*Ndi-ikom aga-akpobata ga-eguzo oto, Ukochukwu ga-echekwa ha n'iru Bishop, mgbe o na si)*

**Ukochukwu:** Nna anyi n'ime Chineke kwesiri nsopuru, anyi echee ndi-ikom ndia n'iru gi, bu ndi anyi juputaworo ihe banyere ha nke oma, ma choputakwa na ha kwesiri ekwesi ka akpobata ha n'ime Otu Nzuko Ndi Nna (C.M.F) nke Dayosis nke Aba Ngwa North.

**Bishop:** I na-acho ka iburu otu onye n'ime otu Nzuko ndi Nna nke Dayosis nke Aba Ngwa North?





**Oziza** Nke ahu bu ihe m choro

**Bishop:** I na-ekwe nkwa na i ga-edebe iwu nile nke otu a

**Oziza** Site n'inye aka Chineke, a ga m eme otua

**Bishop:** I na ekwe nkwa irubere ndi ndu nke otu isi?

**Oziza:** A gam eme otua, onyenweanyi buru onye inye aka m

**Bishop:** Guputa iwu otu Nzuko Ndi Nna

***(Ha gusia, Bishop ga-aga n'iru)***

**Bishop:** Guputa kwa ekpere otu Nzuko Ndi Nna

*(Ha ga-egbu ikpere n'ala kpekwa ekpere ahu)*
*(Bishop ga-akpobata ha, ma nyekwa ha akwukwo nke ibu onye Otu)*

**Bishop:** Anyi akpobata gi (unu) n'otu Nzuko Ndi Nna nke dayosis nke Aba Ngwa North, n'aha nke Nna na nke Okpara na nke Mo Nso. Ka Chineke gozie unu na ezinulo unu nile, Ya goziekwa ihe nile unu na-eme n'aha, site na Jisos Kraist bu Onyenweanyi. Amen.

**OKWU MMALITE EKPERE**

## (PROPER PREFACES)

**ADVENT:**

1. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na site n'obibia Ya n'udi mmadu chi ubochi nnaputa ayi abowo. Site n'aka Ya, I ga-emekwa ka ihe nile di ohuu, dika o na-abia n'ike na mmeri ikpe uwa ikpe.
   Ya mere ayi na ndi Mo Ozi...

2. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I doziri uzo Okpara Gi bu Jisus Kraist site n'okwuchukwu nke odibo Gi, bu Jon onye na-eme baptizm, onye kpwuputara na Jisos bu Nwa aturu Chineke na onye Nzoputa anyi. Ya mere ayi na ndi Mo Ozi...

**KRISTMAS**

3. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I nyere nani otu Okpara Gi ka a mua ya n'oge a n'ihi ayi, Onye esitere n'ike nke Mo Nso mee Ya mmadu, Nwagbogho na-amaghi Nwoke bu meri wee mua Ya: O dighi ntupo ma o bu mmehie di n'ime ya, n'ime Ya kwa ka e hichapurummehie nile ayi.
   Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

4. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na site n'igho mmadu nke okwu Ebighi Ebi ahu ghoro, ihe ohuuamukwasila uwa, ndi nokwa n'ochichiri na n'onyinyo onwu ahula oke ihe ahu. Ya mere anyi na ndi Mo Ozi……

5. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na site n'igho mmadu nke okwu ahu ghoro ihe ohuu amukwasila uwa; Gi Onwe Gi ghoro mmadu dika ayi, ka ayi na Gi wee di n'otu n'alaeze Gi di ebube.
   Ya mere ayi na ndi Mo Ozi...

6. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na site n'obibia Kraist biara nonyere ayi dika mmadu, okpugheere ayi nnwuputa





nke ebube Gi, O kpoputakwara ayi n'ochichiri wee duba ayi n'oke ihe Gi ahu nke di itunanya.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

7. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na site n'ihoro Meri di Ngozi bu Nwagbogho na-amaghi nwoke, ka o buru nne Okpara Gi, I buliri elu ndi onodu ha di ala na ndi di umeala n'obi. Mo Ozi Gi nyere ya ekele puru iche, dika Onyenatakarisiri amara; ayi sooro ogbo nile na-akpo ya onye ngozi diiri, ayi sokwa ya na-anuri onu, na ebulikwa aha nso Gi. Ya mere ayi na ndi Mmoo Ozi...

**EPIFANI:**

8. O ziri ezi, burukwa ihe di mma na ihe obi uto, inye Gi ekele mgbe nile na n'ebe nile, Nna nke puru ime ihe nile. I kpughewo atumatu nke nzoputa ebighi ebi Gi, I gosikwala Okpara Gi Jisus Kraist ka Oburu ihe nke ndi nile di iche iche;
   Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

9. N'ihi na n'ihe omimi nke okwu ahu ghoro mmadu, I mewo ka ihe ohuu nwue n'ime obi ayi, ime ka a mazue otuto Gi site n'iru Okpara Gi Jisos Kraist bu Onyenweayi. Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**LENT:**

10. Site na Jisus Kraist bu Onyenweayi, onye a nwara n'uzo obula dika esi anwa ayi, ma O mehieghi; onye ayi sitere n'amara Ya nwere ike imeri ajo ihe obula, na idiri ya ndu gharakwa idiri onwe ayi ndu ozo. Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

11. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I sitere na Ya nye ayi mmoo ijide onwe ayi, ka ayi wee merie ihe ojoo na-etokwa eto n'amara. Ya mere, ayi na ndi Mo ozi...

## MAUNDY TOZDEE

12. O ziri ezi, burukwa ihe di mma na ihe obi uto, inye Gi ekele mgbe nile na n'ebe nile, Nna nke puru ime ihe nile, site na Jisos Kraist bu Onyenweayi; Onye o bu n'ihi mmehie ayi ka eji bulie Ya n'elu obe, Ka o wee doro uwa nile nye Onwe Ya. Site n'ahuhu Ya na onwu Ya ka O ghooro ndi nile tukwasiri ya obi isi iyi nke nzoputa ebighi ebi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

13. Ugbu a ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na mgbe oge akaraka ya zuru, O jiri oke ihunanya Ya nye ndi na-eso uzo Ya nri anyasi nke a, ka ayi wee na-ekwusa onwu Ya, sorokwa Ya n'oriri nke alaeze ya. Ya mere ayi na ndi Mo Ozi...

## FRAIDEE OMA

14. O ziri ezi burukwa ihe di mma naihe uto, inye Gi ekele mgbe nile na n'ebe nile, Nna Nke Puru ime ihe nile, site na Jisos Kraist bu Onyenweayi, Onye rubere isi rue onwu. Osisi ahu nke e meriri emeri ghoro osisi nke nwetara mmeri; n'ebe a tufuru ndu, ka eweghachiri ndu ozo.Ya mere ayi na ndi Mo Ozi...

15. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na e buliri ya n'elu obe n'ihi mmehie ayi nile, ka O wee doro uwa nile nye onwe Ya. Sitekwa n'ahuhu Ya na onwu Ya, O ghoro ndi nile tukwaisiri ya obi isi iyi nke nzoputa ebighi ebi. Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi…….

## UBOCHI ISTA

16. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I mere ka O si n'onwu bilie n'ebube. N'ihi na Ya onwe Ya bu nwa-Aturu nke Aja oriri Ngabiga ahu n'ezie, nke a churu n'ihi ayi, Onye bupuru mmehie nke uwa. site n'onwu ya, O gburu onwu, sitekwa n'ibilite ozo, O nyeghachiri ayi ndu ebighi ebi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...





17. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I sitere n'aka Ya nye ayi ndu ebighi ebi, wee naputa ayi n'agbu nke mmehie na egwu onwu, wee kpobata ayi n'inwere onwe ahu di ebube nke umu Chineke.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

19. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I sitere n'aka Ya nye ayi olile anya nke mbilite n'onwu ahu di ebube. N'ihi nke a, o bu ezie na ayi nile aghaghi inwu onwu, ayi na-anuri onu n'ihi nkwa nke ndu egbighi ebi ahu. N'ihi na n'ebe ndi nile kwere na Gi no, a ga-agbanwe ndu a, na-anapughi ayi ya. Mgbe e wezugara aru ayi a nke puru inwu anwu, aga-edoziri ayi n'eluigwe ebe obibi ebighi ebi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

## NRIGO N'ELU IGWE

20. Site n'okpara Gi I huru n'anya nke ukwu, Jisos Kraist bu Onyenweayi, Onye, mgbe mbilite n'onwu ya di ebube gasiri, O gosiri ndi umuazu Ya nile onwe ya n'uzo putara ihe, O nokwara n'iru ha rigoro n'eluigwe ikwadebere ayi ebe obibi ka ayi wee nwee ike rigoo n'ebe O no, soro ya buru eze n'ebube. Ya mere ……..

21. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I buliwo Kraist n'ebe di elu, wee nye ya aha nke kachasi aha nile, ka n'aha nke Jisus ka ikpere nile gbue n'ala.
Ya mere ayi na ndi Mo Ozi...

## PENTIKOST

22. Site na Jisus Kraist bu Onyenweayi, Onye dika nkwa Ya kasi buru ezie si di, ka Mo Nso si n'eluigwe bia na mgbe dika mgbe a, n'oke uzu biara na mberede dika oke ifufe, na-anokwasi n'isi ndi ozi dika ire oku. O kuziri ha ihe, duba ha n'ezi okwu nile. O nyekwara ha onyinye isu asusu di iche iche, anya-ike na inu oku n'obi mgbe nile ikwusara

mbanile Ozi Oma. E sitere na nke a kpoputa ayi n'ochichiri na ihie uzo, duba ayi n'ihe na ezi omume nke Gi, na nke Okpara Gi Jisus Kraist. Ya mere…….

23. Site na Jisos Kraist bu Onyenweayi, Onye, dika nkwa ya bu ezie si di, mere ka Mo Nso si n'eluigwe ridata (n'ubochi taa), na-anokwasi ndi umuazu, ikuziri ha ihe na iduba ha n'eziokwu nile, na-ejikota mba di iche iche na-asu asusu di iche iche, na nkwuputa nke otu okwukwe na-enyekwa Choch Gi ike ijere Gi ozi dika ndi nchuaja no n'okwa eze, na izisa Ozi Oma nye mba nile.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

24. Ugbu a ayi na-enye Gi ekele,n'ihi na site n'ike Mmoo Nso, I na-eduba ayi n'ezi okwu nile, I na-enyekwa ayi ike ikwusara mba nile Ozi Oma Gi na ife Gi ofufe dika otu ndi nchuaja no n'okwa eze.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**TRINITI**

25. Onye bu otu Chineke, otu Onyenweayi ahu; o bughi nani otu onye kama Ndi Ato n'ime otu udi ahu. N'ihi na ihe ayi kwere na otuto nke Nna, ka ayi kwere na nke Okpara, ka ayi kwekwara na nke Mo Nso, na-enweghi nkewa nke onye ka ibe ya.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

26. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na I kpughewo ebube Gi, na nke Okpara Gi, na nke Mo Nso; ndi ato ahu nke ha otu n'ibu eze, nke na-enweghi nkewa n'ebube nke ima mma, nke bu otu Onyenweayi ahu, otu Chineke, onye a na-ekpere, an-etokwa mgbe nile ebighi ebi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi.....

**NNWOGHA NKE KRAIST**





27. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na ebube ibu Chineke nke Okwu ahu ghoro mmadu nwuputara dika ihe n'elu ugwu nso ahu. Olu Gi sikwara n'eluigwe daa, wee kwuputa na Jisus bu Okpara Gi I huru n'anya.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**ST. MAIKEL NA NDI MO OZI NILE**

28. Site n'aka ya, ndi isi Mo Ozi nile na-abu abu nke otuto Gi, ndi Mo Ozi na-edebezu ihe nile I nyere n'iwu; Cherubim na Serafim na-ekwusa idi nso Gi mgbe nile. Usuu nile nke eluigwe na-eto aha Gi; ha jikwa onu na-eme uche Gi. Ya mere, ayi na-ario Gi ka a nu olu ayi na ha ka ayi na-eto Gi mgbe nile, na-asi-

**UBOCHI NDI NSO NILE**

29. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi olile anya nke okpukpo I kporo ayi n'ime Okpara Gi. Nyere ayi aka, ka site n'isonye n'okwukwe nke ndi nso Gi nile, ka ayi were ntachi obi gbaa oso ahu nke e edebere n'iru ayi; soro ha nata okpu eze nke otuto ahu nke na-adighi anacha anacha.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**ONYE OZI/ONYE EGBURU N'IHI KRAIST/ONYE NA-EZISA OZI OMA**

30. Site n'aka nnukwu Onye Ozuzu Aturu Gi bu Jisus Kraist Onyenweayi, Onye, mgbe O bilisiri n'onwu, O zipuru ndi ozi ya ka ha kwusara mba nile Ozi Oma, zikwa ha ihe; o kwekwara ha nkwa inonyere ha mgbe nile rue n'ogwugwu oge.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

31. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na mgbe Okpara Gi, bu Jisus Kraist, si n'onwu bilie, O zipuru ndi Ozi Ya na ndi na-ezisa Ozi Oma ka ha kwusara mba nile Ozi Oma, zikwa ayi uzo nke eziokwu ahu.

Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

32. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele na site n'igba ama nke ndi nile egburu egbu, ndi sogidere Kraist o buna rue onwu. I gosiri ike Gi, nke e mere ka o zue oke n'ime adighi ike ayi dika mmadu.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**BAPTIZM**

33. N'ihi na, n'ime Jisos Kraist bu Onyenweayi, I nabatara ayi dika umu Gi ndikom na ndinyom, I mere ka ayi buru umu nke alaeze Gi, I nyekwara ayi Mmoo Nso, iduba ayi baa n'eziokwu nile.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

34. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na n'ime baptizm, e likoro ayi na Kraist n'onwu Ya, ka ayi wee soro ya bilie banye na ndu ohuu.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**IDO CHOCHI NSO**

35. Site na Jisos Kraist bu Nnukwu Onye Nchuaja ayi, onye o bu n'ime Ya ka e wuliri ayi elu dika nkume di ndu nke otu ulo nso , ka ayi wee nwee ike iweta nso n'iru Gi aja nke otuto na ekpere nke di nso ma dikwa mma n'anya, Gi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**IDINOTU**

36. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, nihi idinotu ahu I nyere ayi n'Okpara Gi, n'ihi na Gi bu Chineke na Nna ayi nile Onye kariri ihe nile elu, nke na-ahuzu ihe nile, nke dikwa n'ihe nile.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**UBOCHI UKA (SONDE)**

37. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na Gi Onwe gi bu isi iyi





nke ihe na nke ndu. I kere ayi n'oyiyi nke Gi, wee kpoo ayi ibanye na ndu ohuu nke di n'ime Kraist.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

38. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, n'ihi na n'ubochi mbu nke izu, O meriri onwu na ili, wee meghere ayi uzo ndu ebighi ebi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

39. Ugbu a, ayi na-ekele gi, n'ihi na I jiri mmiri na Mmoo Nso mee ka ayi buru mmadu ohuu n'ime ya, ndi ga-egosi ebube Gi.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

40. Ugbu a, n'ihi na taa bu ubochi mbu nke izu, mgbe I gwara ayi ka ayi na -enye Gi ekele n'ihi mbilite n'onwu nke eweghachikwa olile anya.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

41. Ugbu a, n'ihi na taa, I kpokotara ayi n'ebe a n'oriri Yukarist nke a, ka e wee menwoo ayi ohuu n'ihunanaya na onu na udo
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

**OLULU DI NA NWUNYE**

42. O ziri ezi, burukwa ihe di mma na ihe obi uto, inye Gi ekele mgbe nile na n'ebe nile, Nna nke puru ime ihe nile; Onye kere eluigwe na uwa, n'ihi na I na-ehikota di na nwunye n'otu n'ogbugba ndu nwere ugwu nke ihunanya, dika ihe ama nke njiko na ogbugba ndu ahu nke Chineke kara site n'okike uwa.
Ya mere, ayi na ndi Mo Ozi...

43. Ugbu a, ayi na-enye Gi ekele, ihi na I mewo ka njiko ahu nke di n'etiti Kraist na Nzuko Ya buru ihe ilere anya nke olulu di na nwunye.

Ya mere, ayi na ndi Mo ozi

**OCHICHI UKOCHUKWU**

44. Ugbu a, ayi na enye gi ekele, n'ihi na n'ime otu ndi nchuajandi n'okwaka eze, nke Chochi Gi, I na -echi ndi na eje ozi, ka ekwusa okwu Chineke, ka ha na-elekota ndi Gi, na-ekesakwa sakramenti nile nke ogbugba ndu ohuu.
Ya mee, ayina ndi Mo ozi

45. O ziri ezi, burukwa ihe di mma na ihe obi uto, inye gi ekele mgbe nile na n'ebe nile, Nna nke puru ime ihe nile, site na Onyenweanyi Jisos Kraist, Onye biara, obughi ka e jeere Ya ozi, kama ka O jee ozi, werekwa ndu ya nye ka o buru ihe mgbaputa nke otutu mmadu. o na-akpo ndi odibo Ya nile kwesiri ntukwasi obi ka ha were ihunanya na-edu ndi Gi di nso, werekwa okwu Gi na Sakramenti Gi nile na-azu ha. Ugbu a, ayi na ihe nile e kere eke na-eweli olu ayi nile elu ikwusa Otuto nke aha Gi, na-asi--





# KOLEKT AGA NA-AGU N'OGOLOGO ARO NILE

**SỌNDE ADVENT (Odo odo)**
Chineke Nke puru ime ihe niile, nye ayi amara iji wepu ọlu niile nke ọchịchịrị, ma yikwasị ihe-agha niile nke ìhè, ugbu a n'oge ndụ a na-akwụsị akwụsị, nke Okpara-Gị, bú Jizọs Kraist, bịakutere anyị n'obi-ume-ala dị ukwu ka ọ gābu n'ubọchi ikpe-azu, mgbe Ọ gābia ọzọ n'ebube-Ya di elu, ikpe ndi di ndu na ndi nwụrụ anwụ, na anyi ga-ebili baa na ndụ na-adịgide mgbe niile site na Ya Onye na-adị ndu na-achịkwa achị, Ya na Nna na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, Ugbu a na mgbe niile *Amen.*

*Aganāgu Kọlekt nka kwa-ubọchi. ya na Kọlekt ọzọ n'Advent, rue Anyasi nke echi-ya bu Kristmas.*

**SỌNDE NKE-ABUA N'IME ADVENT (Odo odo)**
Onye-nwe-ayi Nke di ngọzi, Onye meworo ka e dee Akwukwo Nsọ ka anyi wee muta ihe; dee n'obi anyi ihe mmụta nke iwu Gị, dozie akọnuche anyi ịnabata Oziọma, nyere anyị aka ịnụ ha, ịgụ ha, ịrịba ha ama, ịmụta, na ime ka ha gbaa mgbọrọgwụ n'ime anyị, ka ọ ga-abụ, site na ndidi, nakwa nkasiobi nke okwu Nsọ Gị, anyị wee makụa ma jidesikwaa ike mgbe niile olileanya nke ndụ ebighị ebi, nke I nyeworo anyị n'ime Onyenzọpụta anyị bụ Jizọs Kraịst Amen.

**SỌNDE NKE-ATỌ N'IME ADVENT (Odo odo)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye zitere odibo Gị Jọn onye Ome Baptizim ka ọ kwadobe ndị Gi maka ọbịbịa nke Ọkpara Gị, nye ndịozi na ndi na-eje ozi nke eziokwu Gị, ike ịtụgharị uche anyị bu ndị na-enupụisi, ka anyị chee iwu nke ịhụnanya iru, nye anyị obi-ikwe ikwu eziokwu o bụnadị mgbe ahụhụ; ka mgbe Ọga-abịa n'ebube n'ụbochị ikpeazu ka anyị wee guzo n'ezi ntụkwasịobi n'iru Gị bụ Onyeikpe anyị, Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi, Amen

**SỌNDE NKE-ANỌ N'IME ADVENT (Odo odo)**
Nna anyi Nke eluigwe, Ị họpụtara Meri Nwwgbọghọ na-amaghị nwoke ka ọ mụa Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị: mejue anyi n'mara Gị ka anyi, n'ime ihe niile, dịka ya, nabata uche nsọ Gị ma soro ya ṅụrịa na nzọpụta Gị, site na Jizọs kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ABALỊ NKE ECHI YA BỤ KRISTMAS (Ọcha)**
Chineke Nke puru ime ihe niile, Ị na-eme ka anyị ṅụrịa site na ncheta ọmụmụ nke Ọkpara Gị Jizọs kraịst, kwee, ka dịka anyị na-anara Ya n'obi ụtọ dịka Onye-mgbapụta anyị, ka anyị nwee ezi ntụkwasịobi izute Ya mgbe Ọ ga-abịa ịbụ Onye-ikpe anyi, Onye dị ndụ ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**ỤBỌCHỊ KRISTMAS MA ỌBỤ OSUSO ỌMỤMỤ NKE ONYENWEANY Ị (Ọcha/Olaedo)**
Otuto niile dịrị Gị, Chineke Nke pụrụ ime ihe niile na Eze nke eluigwe, Onye zitere Ọkpara Gị n'ụwa ka O yikwasị n'onwe Ya ụdịdị nke anyị, na ka e wee mụa Ya site na Meri Nwaagbọghọ na-amaghị nwoke nke na-enweghi ntụpọ. Kwee ka anyị, bụ ndị a mụworo ọzọ site n'ido anyị ka ụmụ na site n'amara, na-ebigide na Ya ma chịa n'ụwa dịka Ya onwe Ya si achị n'eluigwe, nyere Gị na Mmọọ Nsọ ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE MBU KA KRISTMAS GARA (Ọcha)**
Chineke Nke puru ime ihe niile, I nyewo anyị Ọkpara Gị I mụrụ nání Ya ka O yikwasi n'Onwe-ya ụdịdị nke anyị na ka e wee mụa Ya site na nwaagbọghọ na-amaghị nwoke nke na-enweghị ntụpọ; kwee ka anyị, bụ ndị a mụworo ọzọ na ndị e doro ka ụmụ site n'amara, ka anyi bụrụ ndị a na-emenwo ọhụụ kwa ụbọchị site na Mmọọ Nsọ Gị, site n'Onyenweanyị Jizọs Kraịst, Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị, na otu Mmọọ ahụ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi.

**SỌNDE NKE ABỤA KA KRISTMAS GARA (Ọcha)**
Chukwu ebighi ebi, Onye sitere n'onwunwu nke otu kpakpando duuru ndikom maara ihe, ife Okpara Gi ofufe: duzie, site na ihe Ya, mba niile nke ụwa, ka ụwa niile hụ ebube Gi, site na Jizọs Kraist bụ Onyenweanyi, Amen.





**OBIBI UGWU NKE KRAỊST (Ọcha/Ọlaedo)**
Chineke Nke puru ime ihe niile, Onye e biri Ọkpara Gị dị ngozị ugwu n'ịrube isi nke iwu n'ihi mmadụ, wee nye Ya aha karịrị aha ọ bụla elu, nye anyị amara iwere okwukwe buru aha Ya, na-efe Ya ofufe na nnwere onwe nke mmọọ, ikwusa Ya dịka Onyenzọpụta, Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ otu Chineke, ugbua na mgbe ebighị ebi. Amen

**ỤBỌCHỊ EPIFANI MAỌBỤ NGOSI E WEERE KRAỊST GOSI NDỊ MBA ỌZỌ (Ọcha/Ọlaedo)**
Chineke Ebighị ebi, dịka anyị na-aga njem dị anya dịkwa ngwa ngwa, dughachi akọnuche anyị azụ n'ebe ndịikom maara ihe sooro kpakpando Gị, ma gakwaa n'iru ụbọchị ahụ mgbe mmadụ niile ga-ahụ Gị, ma mee uche Gị, ka anyị wee wetara mmadụ niile ikpe ziri ezi na udo, n'aha Jizọs Kraịst, Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ Otu Chineke, ugbu a na mgbe niile egbighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE MBỤ KA EPIFANI GARA (Ọcha/Ọlaedo na Sọnde, Akwụkwọ-Ndụ site na Mọndee gawa)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye jiri Mmọọ Nsọ wee tee Jizọs mmanụ na Batizim Ya wee gosi Ya dịka Ọkpara Ị hụrụ n'anya; kpalie anyị, bu ụmụ Gị, ndị a mụrụ site na mmiri na Mmọọ Nsọ, ka anyị nye ndụ anyị n'ije ozi Gị, ka anyị wee nụrịa na a ga-akpọ anyị ụmụ Chineke site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**SỌNDE NKE ABỤA KA EPIFANI GARA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Chineke Nna Nke pụrụ ime ihe niile, Iedata anya n'ọchịchọ nke ndị odibo Gị ji obi ha niile na-achọ, setịpụ aka Gị dị ike ịlụrụ anyị ọgụ megide ndịiro niile; site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**SỌNDE NKE ATỌ KA EPIFANI GARA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye Ọkpara Gị sitere n'ihe ịrịbaama na ọlụ ebube dị iche iche wee gosi anyị ịdị ịtụnanya nke ịhụnanya nke nzọpụta Gị, menwoo ndị Gị ọhụụ site n'amara nke eluigwe Gị, n'ime adịghị ike anyị niile, gbaa anyị ume site n'ike Gị dị ukwu, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen .

**SỌNDE NKE ANỌ KA EPIFANI GARA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Chineke, Nke pụrụ ime ihe niile, n'ime Kraịst Ị na-eme ihe niile ka ha dị ọhụụ nwoghaa ịdaa ogbenye na ọdịdị anyị site n'uju nke amara Gị, sitekwa na mmenwo ọhụụ nke ndụ anyị, mee ka anyị mata ebube nke eluigwe Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**SỌNDE NKE ISE KA EPIFANI GARA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Nye anyị, Onyenweanyị, anyị na-arịọ, mmọọ nke iche echiche ime mgbe niile ihe ndi ahụ ziri ezi: ka anyị bụ ndi-enweghi ike ime ihe di mma ma e wezuga Gị nwee ike ibi ndụ dịka uche nsọ Gị siri dị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**SỌNDE NKE ISII KA EPIFANI GARA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Nna Nke eluigwe, Onye e kpughere Ọkpara-Gi di ngọzi ka Ọ laa ọlụ niile nke ekwensu n'iyi, ma mekwaa anyị ụmụ Chineke, na ndi-nketa nke ndụ ebighị-ebi; Kwee ka anyị, site n'olileanya nke a, doo onwe anyị ọcha dịka Ya onwe Ya dị ọcha; ka mgbe Ọ ga-abịa n'ike na ókè ebube, ka anyị wee dị ka Ya n'ime alaeze Ya di ebighị ebi ma dịkwa ebube; ebe Ọ na-adị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. *Amen.*

**SEPTUAJESIMA SỌNDE (Akwụkwọ-Ndụ)**
Chukwu ebighị ebi, Onye Ọkpara Gị Jizọs Kraịst bụ Ụzọ, Eziokwu na Ndụ nye mmadụ niile, kwee ka anyị jegharịa n'ụzọ Ya, Ṅụrịa n'eziokwu Ya, ma ketakwa ókè na ndụ nke mbilite n'ọnwụ Ya; Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen.





**SEXAJESIMA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye na-adị ndụ ebighị ebi, Onye Ọkpara Gị Jizọs Kraịst gwọrọ ndị ọrịa ma weghachikwa ha n'ozuzu ókè ndụ; were obi amara lekwasị nhujuanya niile nke ụwa a, ma were ike ọgwụgwọ nsọ Gị mee ka ụmụ mmadụ nakwa obodo niile zue ókè: site n' Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị Jizọs Kraịst, Otu Chineke, Ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**KWINKWAJESIMA (Akwụkwọ-Ndụ)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onyemgbapụta nke ndị niile tụkwasịrị Gị obi, ṅaa ntị n'akwa ndị Gị na-akwa, zọpụta anyị n'agbụ niile nke mmehie, ka anyị wee fee Gị ofufe n'ezi nnwere onwe, ma nwe ọṅụ n'ịhụnanya Gị na-adịgide, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenzpụta anyị. Amen.

**ỤKA NTỤ / ASH WENEZDEE (Odo odo)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye dị ebere, Ị kpọghị ihe ọ bụla I keworo asị, Ị na-agbaghara mmehie nke ndị niile chegharịrị. Gị kee, mekwaa n'ime anyị obi ọhụụ na nke egwepịara egwepịa, ka anyị, ebe anyị na-akwa mmehie anyị kwerekwa na anyị kwesịrị imere ebere, ka anyị wee nata n'aka Gị, Chineke ebere niile, mgbaghara mmehie na udo zuru ókè; site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**SỌNDE NKE MBỤ N'IME LENT (Odo odo)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye Ọkpara Gị Jizọs Kraịst buru ọnụ iri ụbọchị anọ n'ọzara, a nwakwara Ya dịka e si anwa anyị ma Omehieghị, Nye anyị amara ijide onwe anyị na nrubeisi nke Mmọọ Gị, dị ka Ị mara adịghị ike anyị, kwee ka anyị mata ike nke nzọpụta Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**SỌNDE NKE ABỤA N'IME LENT (Odo odo)**
Chukwu Ebighị ebi, Onye ọ dị n'ebube Gị ime ebere mgbe niile; were amara leta ndi nile hieree uzo n’okwu Gi, weghachikwara ha obi ncheghari na okwukwe siri ike iji makụa ma jidesikwaa ike

eziokwu nke okwu Gị na-adịghi agbanwe agbanwe, bụ Jizọs Kraịst Ọkpara Gị, Onye Gị na Ya na Mmọọ Nsọ na-adị ndụ na-achịkwa achị, otu Chineke, site n'ebighị ebi rue ebighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE ATỌ N'IME LENT (Odo odo)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye Ọkpara Gị Ị hụrụ n'anya nke ukwu na-arịgogh n'ọṅụ na-ebughị ụzọ hụ ahụhụ nke ihe mgbu, Ọ baghịkwa n'otuto tupu a kpọgide Ya n'obe; were ebere kwee ka anyị, site n'ijeghari n'ụzọ nke obe, chọpụta na ọ bụghị ụzọ ọzọ karịa ụzọ nke ndu; site na Jizọs Kraịst bu Onyenweanyị. Amen

**SỌNDE NKE ANỌ N'IME LENT (Odo odo)**
Nna Nke pụrụ ime ihe niile, Onye e kpughere Ọkpara Gị n'ebube tupu Ọ hụ ahụhụ ọnwụ n'elu obe: nye anyị okwukwe ịmata ebube Ya, ka anyị wee nwee ike isoro Ya hụ ahụhụ, ma gbanwekwaa baa n'ụdịdị Ya site n'ebube rue na ebube; Onye dị ndụ, na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE ISE N'IME LENT (Odo odo)**
Nna nke ịhụnanya, Ị napụtara ma zọpụtakwa anyị niile site n'obe na ịhụ ahụhụ nke Ọkpara Gị Jizọs Kraịst. Kwee ka anyị site n'okwukwe siri ike n'ihe di mma na aja Ya wee chota enyemaka na nzọpụta, nwekwaa mmeri n'ike nke mmeri Ya; site na Jizọs Karịst bu Onyenweanyị. Amen

**ỤKA IGU NKWỤ (Ọbara ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye dị ndụ ebighị ebi. Gị Onye sitere n'ịhụnanya Gị dị amara n'ebe mmadụ niile nọ zite Ọkpara Gị bụ Onye nzọpụta Jizọs Kraịst, ka O yikwasị n'onwe Ya anụ arụ anyị na ịhụ ahụhụ n'elu obe: kwee ka anyị soo ụkpụrụ nke ndidi na obi umeala Ya, ịbụ ndị nnwekọ nke mbilite n'ọnwụ Ya: site na Jizọs Kraịst Ọkpara Gị bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen





**MỌNDE N'IZU DỊ NSỌ (Ọbara ọbara / Odo odo)**
Chineke Nke jupụtara n'amara na n'ebere, n'ihi anyị, Ọkpara Gị ghọrọ mmadụ hụkwa ahụhụ ọnwụ n'elu obe: mee ka obi anyị dị ọcha ma nyekwa anyị obi na-anụ ọkụ ijere Gị ozi, site na Jizọs Kraịst bụ Onye mgbapụta anyị. Amen

**TUUZDEE N'IZU DỊ NSỌ (Ọbara ọbara / Odo odo)**
Chineke Onye jupụtara n'amara na n'ebere, n'ihi anyị, Ọkpara Gị ghọrọ mmadụ hụkwa ahụhụ ọnwụ n'elu obe; meere ha ebere bụ dị niile na-amaghị maọbụ ndị na-agọnarị okwukwe nke Kraịst Onye a kpọgidere n'obe, wepụkwa n'ime anyị obi nkume niile nakwa ileda okwu Gị anya: n'ihi Onye nzọpụta anyị Jizọs Kraịst bụ. Amen

**WEDNEZDEE N'IZU DỊ NSỌ (Ọbara ọbara / Odo odo)**
Chineke Onye jupụtara n'amara na n'ebere, n'ihi anyị, Ọkpara Gị ghọrọ mmadụ hụkwa ahụhụ ọnwụ n'elu obe; nye anyị amara ịnara Ya dịka Onyenweanyị nakwa Eze, Onye, n'ihi anyị e kpubere Ya okpu ogwu, Ọ nwụkwaa ọnwụ ihere, ma ugbu a Ọ na-adị ndụ na-achịkwa achị nyere gị na Mmọọ Nsọ Otu Chineke site n'ebighị ebi rue ebighị ebi. Amen

**TỌỌZDEE NKE IWU ỌHỤỤ KRAỊST (MỌNDI TỌỌZDEE) (Ọcha)**
Chineke Onye ịhụnanya Ya na-adị mgbe niile, Ọkpara-Gi Jizọs Kraịst nyere onwe Ya dịka achịcha dị ndụ n'ihi ndụ nke ụwa; nye anyị ụdị ọmụma a nke ịnọ nso Ya ka anyị wee nwee ike ma kwụsịkwaa ike site na ndụ nke mbilite n'ọnwụ Ya ijere Ya ozi mgbe niile; site Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Nna nke eluigwe, anyị na-ekele Gị n'ihi na I sitere na Sakrament nke a dị ịtụnanya, chetara anyị ịhụ ahụhụ nke Ọkpara Gị Jizọs Kraịst. Kwee ka anyị sọpụrụ ihe omimi nsọ nke arụ na ọbara Ya, ka anyị wee mata n'ime onwe anyị ma gosikwa n'ime ndụ anyi mkpụrụ nke mgbapụta Ya: Onye dị ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ Otu Chineke,

ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye Ọkpara-Gi Jizọs Kraịst kụziiri anyị na ihe obula anyi mere nye ndị na-adịghị ike, anyị mere ha nye Ya; nye anyị Mmọọ ịbụ ndị na-ejere ndị ọzọ ozi dịka Ya Onwe Ya bu Onyeozi nke mmadu niile, Onye nyere ndu Ya ma nwụkwaa n'ihi anyị, ma dịrịkwa ndụ na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**ỊGỌZI MMANỤ**

Nna Nke eluigwe, I tere Ọkpara Gị Kraịst mmanụ nke Mmọọ Nsọ na ike, I wetaara mmadụ ngozi nke alaeze Gi. Tee Nzuko Gi mmanu site n'otu Mmoo Nso ahu, ka anyị bụ ndị ketara oke n'ahụhụ Ya nakwa na mmeri Ya bụrụkwa ndị ama nke Oziọma nke nzọpụta; site na Jizọs Kraịst bú Onyenweanyị. Amen

**FRAỊDEE ỌMA (Ọbara Ọbara / Ọtọ)**

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, were ebere lekwasị ezinaụlọ Gị nke a anya, nke ọ bụ n'ihi ya ka Onyenweanyị Jizọs Kraịst ji kwenye ka a rara Ya nye ma tinyekwa Ya n'aka ndị ajọ mmadụ. Ọ hụkwara ahụhụ ọnwụ n'elu obe; Onye dị ndụ na Onye a na-eto eto nyere Gị na Mmọọ nsọ Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

Chineke Nke dị ebere, Onye kere mmadụ niile, Ị kpọghịkwa ihe ọ bụla I kweoro asị: Ị chọghị ọnwụ nke onye mmehie, kama ka ọ bụrụ onye chegharịrị ma dịkwa ndụ. Mere ndị Gị ochie bụ ndị Juu ebere, nakwa ndị niile na-amatabeghi Gị maọbụ ndị na-agọnarị okwukwe nke Kraịst Onye a kpọgburu n'obe, wepụrụ ha amaghị ihe niile, obi nkume niile, na ileda okwu Gị anya; ya mere kpọlata ha n'ụlọ nke nchịkọ Gị ka ha wee bụrụ otu igweatụrụ n'okpuru otu Onyeọzụzụ atụrụ; site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.





**N'ABALỊ NKE ECHI YA BU ISTA (Tụpụsịa Akwa niile nke Ebe Nsọ)**

Kwee Onyenweanyị, ka anyị bụ ndị E mere Baptizim ịba n'onwụ nke Ọkpara Gị Onye nzọpụta anyị Jizọs Kraịst, gaa n'iru ime ka ọchịchọ ọjọọ anyị niile nwụa ka e likọ anyị na Ya; ka site na amara na ọnụụzọ ọnwụ, anyị wee banye na mbilite n'ọnwụ dị aṅụrị, site n'ọlụ ọma Ya, Onye nwụrụ, e lie Ya, O bilikwaa ọzọ n'ihi anyị, bụ Ọkpara Gị Jizọs Kraịst Onyenweanyị. Amen.

Chineke, Onye n'ihi mgbapụta anyị nyere Ọkpara Gị Ị mụrụ naanị Ya ka Ọ nwụọ ọnwụ nke obe, sitekwa na mbilite n'ọnwụ Ya dị ebube, a dọpụtara anyị pụa n'ike nke onyeiro anyị; kwee ka anyị na-anwụ kwa ụbọchi n'ebe mmehie dị, ka anyị na Ya dịkọkwaa ndu mgbe niile n'ime ọṅụ nke mbilite n'ọnwụ Ya; site n'Okpara Gị ahu, Jizọs Kraịst, Onye na-ndi ndu na-achikwa achị, nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, Ugbu a na mgbe niile ebighị ebi. Amen

**ỤBỌCHỊ ISTA (Ọcha)**

Onyenwe ndụ niile na ike, Onye sitere na mbilite n'ọnwu nke Ọkpara Gị merie usoro ochie nke mmehie na ọnwụ, ime ihe niile ka ha di ọhụụ n'ime Ya; kwee ka anyị, ebe anyị nwuru n'ebe mmehie di, dịkwara Gị ndu n'ime Jizọs Kraịst, soro Ya chia achị n'ebube; Onye nyere Gị na Mmọọ Nsọ ka otuto na ugwu, ebube na ike niile dịịrị, ugbu a na mgbe ebighi ebi. Amen.

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye sitere n'Ọkpara Gị Ị mụrụ naanị Ya Jizos Kraịst merie ọnwụ, meghekwara anyị onụ ụzo nke ndụ ebighị ebi, anyị ji obi dị umeala na-arịọ Gị ka, dịka site n'amara Gị pụrụ iche na-eburu anyị ụzo, I tinyere n'obi anyị ezi ọchichọ ka site n'enyemaka Gị na-adịgide, ka anyị weta ha na nlụpụta odịmma; site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ na-achịkwa achị, nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**TUUZDEE N'IZU ISTA (Ọcha/Ọlaedo)**
Chineke, Onye sitere na mbilite n'ọnwụ dị ebube nke Ọkpara Gị Jizos Kraịst bibie ọnwụ ma mekwaa ka ndụ na anwụghị anwụ pụta ìhe: kwee ka anyị, bụ ndị e mere ka anyị na Ya bilikọọ, na-anogide n'iru Ya na-aṅurịikwa ọṅụ n'olileanya nke otuto ebighị ebi, site n'Otu Jizọs Kraịst ahu bu Onyenweanyị, Onye nyere Gị na Mmọọ Nsọ, ka ịchị isi niile na otuto dịịrị site n'ebighị ebi rue ebighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE MBU KA ISTA GARA (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye sitere n'ebere ukwu Gị mee ka ndịozi nwee aṅuri site n'ịhụ Onyenweanyị biliri n'ọnwụ, nye anyị ọmụma dị otu a nke nnọnyere Ya n'ebe anyị no, ka anyị nwee ike na ume site na ndu nke mbilite n'onwu Ya na-ejere Gị ozi mgbe niile n'eziomume na eziokwu, site na Jizọs Kraịst bu Onyenweanyị. Amen

**SỌNDE NKE ABỤA KA ISTA GARA (Ọcha)**
Chineke Nke udo, Onye kpọlitere ọzọ site na ndi nwụrụ anwụ, Onyeozụzụ atụrụ ukwu ahụ nke igwe atụrụ, site n'ọbara nke ọgbụgbandụ ebighị ebi mee ka anyị zụe ȯke n'ezi ọlụ niile ime uche Gị, ma lụa n'ime anyị ihe ahụ nke dị ezi mma n'anya Gị site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**SỌNDE NKE ATỌ KA ISTA GARA (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye Ọkpara Gi Jizọs Kraịst bụ mbilite n'ọnwụ na ndụ nke ndị niile tukwasịrị obi ha na Ya: welite anyị, anyị na-arịo, site n'ọnwụ nke mmehie baa na ndụ nke eziomume; ka anyị wee chọọ ihe ndị ahụ dị n'elu, ebe Ọ na-achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE ANỌ KA ISTA GARA (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye naanị Gị pụrụ idozi ọchichọ na uche na-adịghi nchịkọta nke ndị mmehie, nye anyị amara ịhụ





ihe I nyere n'iwu n'anya, ka agụụ ihe I kwere na nkwa na-agụkwa anyị, ka ọ ga-abụ n'etiti ọtụtụ ntụgharị dị iche iche nke ụwa, ka obi anyị wee si otu ahụ gbagide n'ebe ahụ ezie, ebe anyị ga-ahụ ezi ọṅụ na-adịgide; site na Jizos Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**SỌNDE NKE ISE KA ISTA GARA (Ọcha)**
Nna Nke dị ebighị ebi, Onye alaeze Ya na-enweghị ogwugwu: kwee ka anyị n'ime mgbanwe niile nke uwa nke a, jidesie ihe nke na-adịgide mgbe ebighị ebi ike site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**ỤBỌCHỊ NRỊGO N'ELUIGWE (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, dịka anyi kwere na Ọkpara Gị Ị muru naanị Ya Onyenweanyị Jizọs Kraịst rịgoro n'eluigwe, ya mere, ka anyị si otu ahụ rịgoro ma binyekwara Ya mgbe niile n'ime obi na uche anyị, Onye dị ndu na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**SỌNDE SO KA NRỊGO N'ELUIGWE (Ọcha)**
Chineke ebighị ebi, Eze dị ebube, I weliri Ọkpara Ị mụrụ naani Ya site n'óké mmeri baa n'alaeze eluigwe Gị. Arapukwala anyị na-enweghị nkasiobi, kama zite Mmọọ Nsọ Gị ka O mejue anyị n'ike ma bulikwaa anyị rue ebe Kraịst buru ụzọ gaa, bụ ebe a na-efe ma na-ebulikwa Gị na Mmọọ Nsọ, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**PENTIKỌST/WIIT SỌNDE (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye n'oge a, ziri obi ndị Gị kwere ekwe ihe, site n'izitere ha íhé nke Mmọọ Nsọ Gị; kwee ka anyị si n'otu Mmọọ ahụ nwee ikpe ziri ezi n'ihe niile, ka anyị ṅụrịkwaa ọṅụ mgbe niile n'ime nkasiobi Ya dị nsọ, site n'ọlụ ọma Jizos, bụ Onyenweanyị, Onye sooro Gị dị ndụ na-abụkwa Eze n'ịdịnotu nke Otu Mmọọ ahụ, Otu Chineke, ụwa ebighị ebi. Amen

**MỌDEE SO KA PENTIKỌST GARA (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye zitere ndị ozi Mmọọ Nsọ Gị

n'ubochị Pentikọst site n'ifufe nke si n'eluigwe na ire ọkụ nke mejupụtara ha n'ọnụ, ya na nkwuwa okwu n'ịgbasa Oziọma, zipụ anyị n'ike nke otu Mmọọ ahụ ịgba ama nye eziokwu Gị na ịdọta mmadu niile n'onwunwu ọkụ nke ịhunanya Gị; site na Jizọs Kraịst bu Onyenweanyị. Amen

**TRINITI SỌNDE (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Nke dị ebighị ebi, I nyewo anyị, bụ ndi na-ejere Gị ozi, amara, site na nkwupụta nke ezi okwukwe ikwere n'otu Triniti dị ebighị ebi, na n'ike ebube ukwu Chineke ikpere ịdịnotu ahụ. Debe anyị iguzosi ike n'okwukwe nke a, na-egbopụrụ anyị ihe ịhụjụ anya niile mgbe dum, Onye dị ndụ na-abụkwa Eze, Otu Chineke, ụwa ebighị ebi. Amen.

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Nke dị ndu ebighị ebi, I kpugheworo anyị onwe Gị dịka Nna, Okpara na Mmọọ Nsọ, na-ebikwa ma na-achịkwa n'ịdịnotu zuru óké nke ịhunanya. Jidesie anyị ike n'okwukwe a ka anyị wee mara Gị n'ụzọ Gị niile na-aṅuri oṅu n'otuto Gị ebighị ebi, Onye bu Atọ n'ime otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**SỌNDE NKE MBU KA TRINITI GARA (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Nke dị ebighị ebi, Onye esitere na Mmọọ Ya na-achị ma dokwaa arụ Nzụkọ Ya niile nsọ, nụrụ arịrịọ anyị maka ndị Gị niile kwere ekwe, ka onye ọ bụla n'ọkpụkpọ ya na ozi ya wee jeere Gị ozi n'ịdị nsọ na n'eziokwu n'ihi otuto nke aha Gị site n'Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị Jizọs Kraịst. Amen.

**TRINITI NKE ABỤA (Akwụkwọ-ndu)**
Onyenweanyị Chineke Nna, site n'Onyenzọpụta anyị Jizọs Kraịst I kwewo mmadụ nkwa ndụ ebighị ebi, site na Baptizim, I mere ka anyị bụrụ otu. Napụta anyị n'ọnwu nke mmehie ma kpọlite anyị na ndụ ohụụ n'ịhụnanya Gị, n'ime nwekọ nke Mmọọ Nsọ site n'amara nke Onyenweanyị anyị Jizọs Kraịst. Amen.





**TRINITI NKE ATỌ (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, I tikpọwo ike nke mmehie ma zite Mmọọ nke Ọkpara Gị n'obi nke anyị ji akpo Gị Nna. Nye anyị amara nke anyi ga-eji tinye nnwere onwe n'ijeozi Gị, ka e wee kpọta mmadu niile na nnwere onwe dị ebube nke umu Chineke, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**TRINITI NKE ANỌ (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, I na-egosi ndị gahiere ụzọ íhè nke eziokwu Gị, ka ha wee lọghachite n'ụzọ nke eziomume; kwee ka anyị na ndị niile akpọbatara n'ime nnwekọ nke okwukwe n'ime Kraịst, jụ ihe niile na-emegide nkwụpụta anyi ma gbasoo ihe ndị ahụ niile dabara n'ihe ndị ahụ; site na Jizọs Kraist bụ Onyenweanyị. Amen.

**TRINITI NKE ISE (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke Nna anyị ochie ha, dịka e nyere odibo Gị Abraham Ị rọpụtara, okwukwe ịńa nti n'ọkpụkpọ nke Ị kpọrọ, wee jee n'ebe ahụ nke ọ na-amaghị. Kwee ka Nzụko Gị nwee ụdị okwukwe a, ka anyị wee na-eso Gị na-atụghị egwu ugbu a na mgbe niile site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

Chineke Nke puruime ihe niile, anyi apụghị ime ihe na-atọ Gị ụtọ ma Ị nọghị ya, kwee ka Mmọọ Nsọ Gị na-edu, na-achị obi anyị n'ihe niile site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**TRINITI NKE ISII (Akwụkwọ-ndu)**
Onyenweanyị, I kuziworo anyị na ihe ọ bụla nke anyị na-eme nke ịhụnanya na-adịghi abụghị ihe ọbụla, zite Mmọọ Nsọ Gị ma wụkwasi n'ime obi anyị ezi onyinye nke ịhụnanya ahụ, nke bụ ihe njikọ nke udo na ihe ọma niile, nke onye na-adị ndụ na-enweghị ya ka a gụrụ n'onye nwụrụ anwụ n'iru Gị, kwere nke a n'ihi Ọkpara Gị Jizọs Kraịst. Amen

**TRINITI NKE ASAA (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye zitere Mmọọ Nsọ Gị ka Ọ

bụrụ ndụ na íhé nke Nzukọ Gị, meghee obi anyị nye akụ nke amara Ya, Ka anyị wee mịpụta mkpụrụ nke Mmọọ n'ịhụnanya, na ọ́ńụ na udo site na na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE ASATỌ (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, okwu Gị bụ oriọna dịịrị ụkwụ anyị na íhé dịịrị okporo ụzọ anyị, kwee ka site na ntachi obi n'ọmụmụ ihe nke Akwụkwọ Nsọ, ka anyị sochie ụzọ ahụ anya bụ nke I doziri anyị; site na Jizọs Kraịst, Onye di ndụ na-abụkwa Eze, nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Ị hụwo na anyị enweghị ike nke onwe anyị iji nyere onwe anyị aka, kwagide anyị ma na arụ ma na mkpụrụobi, ka e wee napụta anyị n'ihe ọjọọ niile nke na-adakwasi anụarụ nakwa echiche ọjọọ niile nke na-emerụ ma na-emetụta mkpụrụ obi site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE ITEGHETE (Akwụkwọ-ndu)**
Nna Nke mmadu niile, Onye nyere naani Ọkpara Gị ka ọ dịrị n'udị odibo ma rubekwa isi rue n'ọnwụ nke obe; nye anyị otu Mmọọ ahụ nke dị n'ime Kraịst Jizọs, ka mgbe anyị na-eketa òkè n'ịdị nwaayọ Ya, anyị na Ya wee nọkọọ n'otuto Ya, Onye dị ndụ na-abụkwa Eze, nyere Gị, na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**TRINITI NKE IRI (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye Ọkpara Gị Jizọs kuziiri anyị na ihe o bụla anyị mere nye ndị dịkarịsịrị nta n'etiti anyị, na anyị mere nye Ya, nye anyị Mmọọ nke anyị ga-eji jeere ndị ozo ozi otu Ya onwe Ya jeere mmadụ niile, Onye nyere ndụ Ya, nwụkwaa n'ihi anyị, ma na-adịkwa ndụ, na-abụkwa Eze nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**TRINITI NKE IRI NA OTU (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Gị Onye kpọrọ Nzukọ Gị ịgbaama na ime ka Gị na ụwa dị n'otu site na Kraịst, nyere anyị





aka, ka anyị si otu a gbasaa Oziọma nke ịhụnanya Gị. Ka onye o bụla nke ga-anụ ya dị n'otu site na Ya, Onye nwụrụ n'ihi anyị ma dịkwa ndụ. Onye sooro Gị na-abụ Eze nyere Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ABỤA (Akwụkwọ-ndu)**
Were ebere nụrụ arịrịọ ndi nke Gị na-akpọku Gị Onyenweanyị, kwee ka ha mara ihe nke ha kwesịrị ime ma nwekwaa amara ime ya n'okwukwe site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ATỌ (Akwụkwọ-ndu)**
Onyenweanyị na Chineke, Onye na-echebe ndị niile tụkwasịrị obi na Gị, Onye nke ọ na-adịghị ihe ọ bụla dị ike, dịkwa nsọ ma ọ bụghị site na Gị, mee ka ebere Gị baa ụba n'ebe anyị nọ; ebe Ị bụ Onyendu na Onyenche anyị, ka anyị si otu a gafee n'ihe nke na-adịghi adịgide ma n'ikpeazu wee jidesi ike ihe ahụ nke na-adịgide, kwere nke a Nna Nke eluigwe n'ihi Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ANỌ (Akwụkwọ-ndu)**
Onyenweanyị Chineke, Ị kụziworo anyị na ihe ọ bụla nke anyị na-eme nke ịhunanya na-adịghị abụghị ihe ọ bụla, n'ihi na onye ọ bụla na-adị ndụ nke na-enweghị ịhụnanya ka a gụrụ n'onye nwụrụ anwụ n'iru Gi, zite Mmọọ Nsọ Gị ma wụkwasị n'ime obi anyị ezi onyinye nke ịhụnanya ahụ nke bụ njikọ nke udo na ihe ọma niile, kwere nke a n'ihi Ọkpara Gị Jizos Kraịst. Amen

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, nke dị ndụ ebighị ebi, mee ka okwukwe, olileanya na ọ́ńụ anyị baa ụba, ka anyị wee nata ihe ahụ nke Ị kwere na nkwa, mee ka anyị hụ ihe ndị ahụ Ị nyere n'iwu n'anya site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ISE (Akwụkwọ-ndu)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Ị kụziworo anyi na site n'Ọkpara Gị ịhụnanya bụ mmezu nke iwu, kwee ka anyị were obi anyị dum hụ Gị n'anya, hụkwa ndị agbataobi anyị dịka onwe anyị, site na

Jizos Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ISII (Akwụkwọ-ndu)**

Chineke Nke ebere, Ị kwadoworo ndị hụrụ Gị n'anya ihe ọma ahụ nke karịrị nghọta anyị. Wụnye n'ime obi anyị ụdị ịhụnanya ahụ n'ebe Ị nọ, ka mgbe anyị na-ahụ Gị n'anya karịa ihe niile, anyị wee nata nkwa Gị nke karịrị ihe niile anyị nwere ike ịchọ, site na Jizos Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

Onyenweanyị, Onyenwe ike na ume niile, Onye ihe ọma niile na-esite n'aka Gị, kunye n'ime obi anyị ịhu aha Gị n'anyị, mee ka ezi okpukperechi baa uba n'ime anyị, mejupụta anyị n'ezi ihe niile, ma site n'ebere Gị mee ka anyị nọgide na ya site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ASAA (Akwụkwọ-ndu)**

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, I mere anyị nye onwe Gị, ma obi anyị ezughị ike rue mgbe ha ga-achọta ozuzu ike na Gị. Zi anyị ka anyị nye onwe anyị ijere Gị ozi, ka anyị wee nwee udo n'ebe a ma n'ụwa nka na-abịa wee hụ Gị iru na iru site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE NA ASATỌ (Akwụkwọ-ndu)**

Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Nke dị ndụ ebighị ebi, mee ka onyinye Gị nke okwukwe baa ụba n'ime anyị; ebe anyị na-ahapụ ihe nke dị n'azụ, ma na-agbakuru nke dị n'iru. Ka anyị wee na-eje ije n'ụzọ nke iwu Gị wee rita okpu ọńụ nke ebighị ebi site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI NA ITEGHETE (Akwụkwọ-ndu)**

Chineke, ebe anyị na-apụghị ime ihe ga-atọ Gị ụtọ ma Ị nọghị ya; were ebere kwee ka Mmọọ Nsọ Gị na-edu, na-achịkwa obi anyị n'ihe niile, site na Jizọs Kraịst, bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ na-abụkwa Eze, nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe niile. Amen

**TRINITI NKE IRI ABỤA (Akwụkwọ-ndu)**

Nna Nke mgbe ebighị ebi, Onye Ọkpara Gị Jizọs Kraịst rịgoro





n'ocheeze nke eluigwe ka O wee chịa ihe niile dịka Onyenwe: debe Nzukọ Gị n'ịdịnotu nke Mmọọ na ihe njikọ nke bụ udo, ma chịkọta ihe niile e kere eke ịkpọ isiala n'ụkwụ Ya, Onye dị ndụ, na-abụkwa Eze, Otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**TRINITI NKE IRI ABỤA NA OTU (Akwụkwọ-ndu)**

Onyenweanyị, kpalite ọchịchọ nke ndi Gị kwere ekwe, ebe anyị na-amịpụta mkpụrụ nke ọlụ ọma n'ụba, ka I wee kwụghachi anyi, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**TRINITI NKE IRI ABỤA NA ABỤA (Akwụkwọ-ndu)**

Onyenweanyị Chineke, kwee ka ntị ebere Gị ghere oghe n'ekpere ndị Gị, ka ha wee nata ihe ha na-arịo n'arịrịọ. Mee ha ka ha rịo ịhe ahụ nke ga-atọ Gị ụtọ, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI ABỤA NA ATỌ (Akwụkwọ-ndu)**

Nna ebere, Ọkpara Gị Jizọs Kraịst gwọrọ ndi ọria ma weghachi ndụ zuru òkè n'ime ha, were ebere lekwasị mmekpa arụ ụwa a anya ma wezuga nsogbu nke ndi Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI ABỤA NA ANỌ (Akwụkwọ-ndu)**

Chineke Onye Nzọpụta anyị, Ọkpara Gị kwere anyị nkwa na ebe mmadụ abụa maọbụ atọ zukọrọ n'aha Ya, na Ya nọnyeere ha, meghee anya anyị ka anyị wee hụ Ya, meghekwaa obi anyị, ka anyị wee hụ Ya n'anya, nakwa uche anyị, ka anyị wee rubere Ya isi site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI ABỤA NA ISE (Akwụkwọ-ndu)**

Onyenweanyi, Onye amara, Ọkpara Gị Jizọs Kraịst bịara wetere anyị Oziọma na ike ịgbanwe-ndụ anyị, kwee ka mgbe Ọ ga-abia ọzọ dịka Onyeikpe, ka anyị wee dị na njikere iji ọńụ zute Ya, site na Jizos Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TRINITI NKE IRI ABỤA NA ISII (Akwụkwọ-ndu)**

Chineke Nna anyị, Ọkpara Gị bịara n'ịhụnanya ịzopụta anyị

nakwa ịkwado anyị maka ndụ ebighị ebi, napụta anyị n'ihe niile nke ga-egbochi ịgba ọsọ nke dịịrị anyị, site na Jizọs bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ NCHEGARI NKE ST. PỌL (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye mere ka ìhè nke Oziọma nwue gburugburu ụwa niile site na nkwusa nke odibo Gị bụ St. Pọl, kwee ka anyị bụ ndị na-eme emume nke nchegharị ya dị ebube, wee soro Ya n'ịgbara eziokwu Gị ama, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**ỤBỌCHỊ TIMOTI NA TAỊTỌS (Ọcha)**
Nna Nke eluigwe, Gị Onye zitere onyeozi Gị Pọl ka o kwusaa Oziọma, ma nyekwa ya Timoti na Taịtọs ka ha bụrụ ndi nọnyere ya n'ime okwukwe, kwee ka mmekọrịta anyị n'ime Mmọọ Nsọ nwee ike ịgbara aha ahụ bụ Jizọs ama: Onye dị ndụ ma soro Gị na Mmọọ Nsọ na-achịkwa achị, Otu Chineke, ugbu a na mgbe niile. Amen

**OCHICHE E CHERE KARỊST N'ULO UKWU CHINEKE (Ọcha)**
Nna Nke pụrụ ime ihe niile, Onye e chere Ọkpara Gị Jizọs Kraịst n'Ụlọ Ukwu Gị dị nso, ma gosịkwa Ya dịka ebube nke Izreel na ihe nke mba niile: kwee ka n'ime Ya, ka anyị bụrụ ndi a ga-eche n'iru Gị, ma n'ime uwa ka anyị wee gosi ebube Ya: site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ ST. MATAYAS (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye, n'ọnọdụ onye nrafu bụ Judas, rọpụtara odibo Gị kwesịrị ntụkwasịobi bụ Matayas, ịbu otu n'ọnụọgụgụ ndịzo iri na abụa ahụ: chebe Nzukọ Gị pụa n'aka ndị ụgha, ma site n'ijeozi nke ndị ọzụzụ atụrụ na ndị nkuzi kwesịrị ntụkwasịobi, debe anyị mgbe niile n'ime eziokwu Gị, site na Jizos Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**JOSEF NKE NAZARET, DI MERI DI NGOZI (Ọcha)**
Chineke, Onye sitere n'ezinaụlọ nke odibo Gị bụ Devid wee kpọlite Josef ịbu onye nlekọta nke Ọkpara Gị a mụrụ n'ụdị





mmadụ, na di nke nne Ya nke na-amaghị nwoke: nye anyị amara ińomi eziomume nke ndụ ya na nrubeisi ya nye iwu Gị niile, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ, nyere Gị na Mmọọ Nso, na-achị Otu Chineke rue ụwa ebighị ebi. Amen.

**ỌGWỤGWA AGWARA MERI NWA-AGBỌGHỌ NA-AMAGHI NWOKE DI NGỌZI (Ọcha)**
Nna ịhụnanya, site n'ike nke Mmọọ Nsọ Gị, Meri nwa-agbọghọ onye Juu tụụrụ ime Ọkpara Gị, kwee, ka a mụa n'ime anyị ịmamma Ya, na ụdị mmadu Ya na mgbanwe niile nke amara Ya, ka anyị gharakwa ilelị mgbe ọ bụla, ịdị iche na mkpali nke ịdị nwaayo Ya: n'ihi na anyị kpere site n'otu aha ahụ, Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**UBOCHI ST. MAAK (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, I nyewo Chọọch nsọ Gị ihe site n'ịgba ama dị omimi nke Onyeozi Gị bụ Maak; kwee ka anyị, ebe a na-eme ka anyị gbamie mkpọrọgwu n'ime eziokwu nke Oziọma ahụ, bụrụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi nye ozizi ya, ma n'okwu, ma n'omume site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**UBOCHI ST. FILLIP NA ST. JEMS (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye nke ịmara Gị n'ezie bụ ndụ ebighị ebi, zi anyị ịmara Okpara Gị Jizọs Kraịst dịka Ụzọ, Eziokwu na Ndụ ahụ, ka anyị wee na-eso nzọ ụkwụ nke Ndịozi Gị dị nsọ, bụ Filip na Jems, nọgidesie ike n'ije ije mgbe niile n'ụzọ ahụ nke na-eduba n'otuto Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**NLETA NKE MERI NWA-AGBỌGHỌ NA-AMAGHI NWOKE DI NGỌZI (Ọcha/Ọlaedo)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye ọ bụ site n'amara Gị, ka Elizabet jiri soro Meri ńurịa tokwaa ya dịka nne nke Onyenweanyị. Mejuo anyị n'amara Gị, ka anyị wee huta nwa Ya dịka Onyenzọpụta anyị, ma ńurịa ọńụ na a kpọrọ anyị nke Ya; site na Jizọs Kraịst bụ Onyenwanyị. Amen

**UBOCHI ST. BANABAS ONYEOZI (Ọbara Ọbara)**
Kwee, Chineke, ka anyị wee soro ihe ǎtụ nke odibo Gị kwesịrị ntụkwasịobi bụ Banabas, onye, na-achọghị otuto nke onwe ya kama ọ dịmma nke Nzukọ Gị, O nyekwara site n'afọ ofufo niile, ndu na ihe onwunwe ya, n'ihi igbo mkpa nke ndị ogbenye na ịgbasa Oziọma, nyere anyị aka site n'ihu ǎtụ nke Onyeozi Gị bu Banabas, ka anyị nye onwe anyị na ihe onwunwe anyị n'ije ozi Gị site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ soro Gị na-abụkwa Eze n'ịdịnotu nke Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, rue ụwa ebighị ebi

**ỤBỌCHI JỌN ONYEOME-BAPTIZIM (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye a mụrụ odibo Gị Jọn, Onyeome-Baptizim n'ụzọ dị ịtụnananya, n'ihi imezu ebumnuche Gị, site n'idozi ụzọ nke obịbịa nke Ọkpara Gị, duru anyị rue na nchegharị dịka nkwusa ya si dị, na ịgbaso ihe ǎtụ ya na-ekwu eziokwu mgbe niile, kwugide ihe ọjọọ na-atụghị egwu, werekwa ntachiobi hụ ahụhụ n'ihi eziokwu site na Jizọs Kraịst bụ Onyenwanyị. Amen

**UBOCHI ST. PITA ONYEOZI (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye kpaliri Onyeozi Gị bụ St. Pita ikwupụta Jizọs dị ka Kraịst na Ọkpara nke Chineke dị ndụ, wue Nzukọ Gị n'elu nkume nke a, ka n'ịdịnotu na udo, ka o kwusaa otu Onyenweanyị, Ọkpara Gị bụ Onyenzọpụta anyị Jizọs Kraịst, Onye dị ndụ, soro Gị na-abụkwa Eze, nyere Mmọọ Nsọ Otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**UBOCHI ST. TOMAS ONYEOZI (Ọbara Ọbara)`**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Nke dịkwa ndu ebighị ebi, Onye, n'ihi ime ka okwukwe anyị sie ike, kwere ka Onyeozi bụ St. Tọmas rụa uka nye mbilite n'ọnwu nke Ọkpara Gị, rue mgbe okwu ọ nụrụ na ihe ọ hụrụ anya mere ka o kwere. Kwee ka anyị bụ ndị na-ahụghị ka anyị we kwere, wee si otu a nata uju ngọzi nke Kraịst Onye dị ndụ, soro Gị na Mmọọ Nsọ na-abụkwa Eze, Otu Chineke ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen





**ỤBỌCHỊ ST. MERI MAGDALINI (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye Ọkpara Gị kpọghachịrị Meri Magdalini, nye arụike nke Mmọọ na nke anụarụ, wee kpọọ ya ịbụ onyeama nke mbilite n'ọnwụ Ya, gbaghara anyị ma gwọkwaa anyị site n'amara Gị, Ka anyị wee jeere Gị ozi n'ike nke ndụ mbilite n'ọnwụ Ya, Onye dị ndụ, soro Gị na Mmọọ Nsọ na-abụkwa EzeVM, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi.

**ỤBỌCHỊ ST. JEMS ONYEOZI (Ọbara Ọbara)**
Chineke ebere, anyị na-arịọ ka, dịka Onyeozi Gị dị nsọ bụ St. Jems rapụrụ nna ya na ihe niile o nwere, ma rubeisi nye ọkpụkpọ oku nke Ọkpara Gị Jizọs Kraịst, ọ bụna rue ọnwụ; ka anyị wee rapụ ọchịchọ niile nke onwe, ma dịkwa njikere mgbe niile ịza ọkpụkpọ òkù nke Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**ỤBỌCHỊ NNWOGHA NKE ONYENWEANYỊ (Ọcha/Ọlaedo)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye e kpughere Ọkpara Gị n'ebube tupu Ọ hụa ahụhụ n'elu obe; nye anyị okwukwe ka anyị wee hụ ebube Ya, ka ewee mekwaa ka anyị dị ike isoro Ya hụkọọ ahụhụ, bụrụkwa ndi a gbanwere baa n'ụdị Ya, site n'ebube baa n'ebube, Onye dị ndụ, soro Gị na Mmọọ Nsọ na-abụkwa Eze, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen.

**ỤBỌCHỊ ST. BATOLOMI (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye nyere Onyeozi Gị bụ Batolomi amara n'ezie, ikwere na ikwusa okwu Gị, kwee ka Nzukọ Gị hụ okwu ahụ nke o kwenyere n'anya, ka o kwesị ntụkwasịobi n'ikwusa na ịnarakwa otu ihe ahụ site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**OSUSO OMUMU NKE MERI NWA-AGBỌGHỌ NA-AMAGHI NWOKE DI NGỌZI *AB*VM (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye rọpụtara Meri Nwa-agbọghọ na-amaghị nwoke dị ngozi, ịbụ nne nke naani Ọkpara Gị, kwee ka anyị bụ ndị a gbapụtara site n'ọbara Ya wee soro Ya keta ókè

n'ebube nke alaeze ebighị ebi Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ, soro Gị na Mmọọ Nsọ na-abụkwa Eze, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**ỤBỌCHỊ OBE DỊ NSỌ (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye sitere n'ihe mgbu nke Ọkpara Gị dị ngọzi mee ọnwụ ihe ihere, ka ọ bụụrụ anyị ụzọ nke ndụ, kwee ka ịnya isi anyị bụrụ n'obe nke Kraịst, ka anyị wee were ọṅụ hụ ahụhụ n'ihi Ya, Onye dị ndụ, soro Gị na Mmọọ Nsọ na-achị achị, Otu Chineke, ugbu a na mgbe niile. Amen

**ỤBỌCHỊ ST. MATIU (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye sitere n'Ọkpara Gị Jizọs Kraịst kpọrọ Matiu site n'ịgbaso uru nke onwe ka ọ bụrụ Onyeozi na onye na-agbasa Oziọma, tọpụ anyị n'óké ọchịchọ dị iche iche na ịhụnanya nke ảkụ niile, ka anyị wee soro n'ime nzọụkwụ nke Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị, Onye dị ndu, soro Gị, na Mmọọ Nsọ na-abụkwa Eze, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**ỤBỌCHỊ ST. MAIKEEL NA NDI MMOO OZI NIILE (Ọcha)**
Onyenweanyị Chineke dị mgbe ebighị ebi, Onye doro ma hibekwa ijeozi nke ndị mmọọ ozi na mmadụ niile n'usoro dị ebube, kwee ka, dịka mmọọ ozi Gị dị nso na-ejere Gị ozi mgbe niile n'eluigwe, ka site na ntụziaka Gị, ka ha na-enye aka na-alụkwara anyị ọgụ n'eluigwe, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**ỤBỌCHỊ BISHOP AJAYI CROWTHER (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Ìhè nke ndị niile kwere ekwe na Onyeọzụzụ mkpụrụobi niile, Onye zitere onyeozi Gị bụ Ajayi Crowther ka o bụrụ Bishop na Nzukọ Gị, I were okwu Gị zụa atụrụ Gị na idu ha site n'ihe atụ Gị; nye anyị amara ka anyị jide okwukwe ahụ nke o kụziri; ya na isoro nzọụkwu Ya, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen





**ỤBỌCHỊ ST. LUUK ONYEOZIOMA (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye kpaliri obi Luuk nke bụ dibia ọgwọọria, ka o kwusaa ịhụnanya na ike ọgwụgwọ nke Ọkpara Gị, nye Nzukọ Gị site na amara nke Mmọọ ahụ, na site n'ọgwụ nke Oziọma ahụ, otu ịhụnanya ahụ na ike ịgwo nrịanrịa, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ ST. JEMS NWANNE ONYENWEANYI MAOBU JEMS NKE JERUSALEM (Ọbara Ọbara)**
Onyenweanyị Chineke Nke udo kwee ka site n'ịgbaso ihe atụ nke odibo Gị Jems nwanne Onyenweanyị, ka Chọọch Gị wee nye onwe ya mgbe niile n'ekpere na n'ime ka mmadu niile dị n'udo bụ ndị na-anọ n'ịkpọasị maọbụ n'iro, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ ST.SAIMON NA ST. JUUD BU NDIOZI (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, I wuwo Nzukọ Gị dị ka ụlọ n'elu ntọala nke bụ Ndịozi na Ndị Amụma nke isi nkume n'ime nkuku ntọala bụ Kraịst Jizọs onwe Ya, kwee ka anyị si otu a jikọta n'ịdịnotu nke mmọọ site n'ihe ozizi ha, ka e wee mee anyị ụlọ nsọ nke ihe ya na-atọ Gị ụtọ site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ NDI NSO NIILE (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye jikọtara ndị Ị rọpụtara n'otu nnwekọ na otu nketa, n'ime arụ dị omimi nke Ọkpara Gị Kraịst bụ Onyenweanyị. Biko, nye anyị amara isi otu a na-eso ndị nsọ Gị dị ngọzi n'ịdị ndụ ọma niile na nke yiri Chineke ka anyị wee bia n'ọṅụ ahụ nke a na-apụghị ịkọ akụkọ ha, nke I doziwooro ndị na-ejighi aghụghọ hụ Gị n'anya, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ MKPURUOBI NIILE (Ọcha)**
Chineke, Onye okike na Onyemgbapụta nke ndị niile kwere ekwe, nye mkpụrụobi niile rapụrụ n'ezi okwukwe uru ahụ nke a na-apụghị ịmata ụdi ya, nke ọnwụ na mbilite n'ọnwụ nke Ọkpara Gị, ka ọ ga-abụ ma mgbe Ọ ga-abịa ọzọ, ka e wee gosi ha dịka

ụmụ Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ ST. ANDRU (Ọbara Ọbara)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Gị Onye nyere Onyeozi Gị Andru amara nke mere o jiri were ngwa ngwa zaa òkù̀ nke Ọkpara Gị wee dutere ya nwanne ya, nye anyị, bụ ndị e sitere n'okwu Gị dị nsọ kpọọ, amara ka anyị wee soro Gị na-atụfụghị oge ma na-akọsa Oziọma nke alaeze Gị, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**ỤBỌCHỊ ST. STIFEN (Ọbara Ọbara)**
Nna anyị Nke eluigwe, I nyere onyensọ Gị e gburu n'ihi Jizọs bụ Stifen amara ikpe ekpere nye ndị tụgburu ya, kwekwaa ka mgbe anyị na-ahụ ahụhụ n'ihi eziokwu, ka anyị soro nzọụkwu nke mgbaghara ya site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤBỌCHỊ ST. JỌN (Ọcha)**
Nna dị ebere, Gị Onye Ọkpara Gị bụ Ìhè nke ụwa, anyị na-arịọ Gị ka Ị na-edu Nzukọ Gị site n'ihe ozizi nke Onyeozi na Onye na-agbasa Oziọma Gị bụ Jọn, ka anyị wee site otu a na-ejegharị n'ìhè ahu nke dị n'etiti anyị na n'ikpeazu ka anyị wee mara Ya dịka ìhè nke ndụ ebighị ebi. Onye dị ndụ na-achịkwa achị, nyere Gị na Mmọọ Nsọ, Otu Chineke, ugbu a na mgbe ebighị ebi. Amen

**ỤBỌCHỊ NDI NA-EMEGHỊ IHE ỌJỌỌ (Ọbara Ọbara)**
Nna Nke eluigwe, Onye ụmụntakịrị Gị hụrụ ahụhụ n'aka Herod, ọ bụ ezie na o nweghị ije ọjọọ ha mere, nye anyị amara ka anyị ghara itinye aka n'ihe ọjọọ maọbụ guzoro iche na-enweghị mmetụta, kama ka anyị lụara ndị na-adịghị ike ọgụ pụa n'aka ndị na-eme ihe ike dị ike, n'aha nke Jizọs Kraịst Onye hụụrụ anyị ahụhụ, ma na-adị ndụ, na-achịkwa achị nyere Gị na Mmọọ Nsọ otu Chineke, ugbu a na mgbe niile. Amen

**ỤBỌCHỊ ROGATION - Mondee (Ọcha)**
Onye amara, Onye na-enye ngọzi, gọzie ala anyị ma mee ka owuwe ihe ubi nke ụwa bawanye, gosi obiọma Gị ka ala wee





wepụta ihe n'ụba, ma dọpụta anyị n'iji ụzọ nke onwe na-ekesa ihe nke I nyere anyị, ka ndị Gị n'ebe niile wee nye Gị ekele site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**TUUZDEE (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, I nyewo akụnaụba nke ụwa, maka nlekọta ndụ nke ụmụ Gị, I sikwa otu a hazie ndụ anyị ka anyị na-adabere n'ibe anyị, gọzie mmadụ niile n'olu niile nke ha na-alu kwa ubochị, ma dị ka Ị siworo nye anyị amamihe ka anyị wee na-emeputa ihe rie nne, sikwa otu a nye anyị obi ime ka o rute mmadu niile aka, site na Jizos Kraịst bu Onyenweanyị. Amen

**WENEZEDEE (Ọcha)**
Chineke Nke pụrụ ihe niile, Onye ọ bụ mmasị Gị ime ka ala wepụta mkpụrụ n'oge ha. Gọzie ọlụ niile nke ndị Gị na-alụ; ka ha wee were ya otu o kwesịrị n'ihi otuto Gị, na n'ihi ọdịmma nke anyị, na inyere ndị nọ na mkpa aka, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ILI OZU (Odo-Odo)**
Chineke Nna anyị, Ọkpara Gị Jizọs Kraịst, nwụrụ ma bilie n'ihi nzọpụta nke anyị. Anyị aranye n'aka Gị mkpụrụobị odibo Gị, na-arịọ ka ya na ndị niile nwụrụ n'ime okwukwe bụrụ ndị a ga-ekpughe dịka ụmụ Gị mgbe Kraịst ga-abịa ọzọ. Gị Onye nwe otuto na ugwu niile, Gị na Mmọọ Nsọ, ugbu a na mgbe niile. Amen

**OLULU DI NA NWUNYE (Ọcha)**
Chineke Nna anyị, I ziwo anyị site n'Ọkpara Gị, na ịhụnanya bụ idebezu iwu, kwee ka ndị odibo Gị ndị a mara na site n'ịhụrịta onwe ha n'anya, ha ewee bigide n'ịhụnanya Gị rue mgbe ndụ ha ga-agwu site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen.

**BAPTIZIM (Ọcha)**
Onyenweanyị, anyị na-arịo Gị ka I nye ndị Gị amara, iji guzogide onwụnwa nke ụwa, nke anụarụ na ekwensu, ka site n'obi ọcha na uche zụrụ òkè ka ha wee soo Gị, Onye naanị Gị bụ Chineke

site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

Nna anyị Nke eluigwe, site n'ike nke Mmọọ Nsọ Gị, Ị na-enye ndị Gị ndị okwukwe, ndụ ọhụụ n'ime mmiri nke Baptizim; anyị na-arịo Gị, ka Ị na-edu, na-enyekwa anyị ike site n'otu Mmọọ ahụ, ka anyị bụ ndị a mụworo ọzọ wee fee Gị n'ime okwukwe na ịhụnanya, ka anyị wee tozue na mmazu nke Ọkpara Gị Jizọs Kraịst, Onye dị ndụ soro Gị na Mmọọ Nsọ na-achi, otu Chineke ugbu a na mgbe niile. Amen

Chineke Nke dị ebighị ebi, I nyewo anyị otu Baptizim maka nsachapụ nke mmehie. Kwee ka anyị bụ ndị a mụworo site na mmiri na Mmọọ Nsọ, wee mee anyị ndị Kraịst, ka anyị bụrụ otu n'ime okwukwe ma pụta ìhè n'ijeozi site na Jizos Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**INYE IKE (Ọcha)**
Nna anyị Nke eluigwe, site n'ike nke Mmọọ Nsọ Gị, I nyere ndị Gị ndị okwukwe ndụ ohụụ n'ime mmiri nke Baptizim, anyị na-arịọ Gị, ka I na-edu, na-enyekwa anyị ike site n'otu Mmọọ ahụ, ka anyị bụ ndị a mụworo ọzọ wee fee Gị n'ime okwukwe na ịhụnanaya, ka anyị wee tozue na mmazu nke Ọkpara Gị Jizọs Kraịst, Onye dị ndụ, soro Gị na Mmọọ Nsọ na-achị achị, Otu Chineke ugbu a na mgbe niile. Amen

**OCHICHI BISHOP (Ọcha)**
Chineke Nna anyị, Onyenwe ụwa niile, anyị na-enye Gị ekele, n'ihi na site na Ọkpara Gị, Ị kpuwo anyị n'ime nnwekọ nke Nzụkọ Gị zuru ụwa niile, nụrụ ekpere anyị n'ihi ndị Gị, ndị okwukwe, ka onye ọ bụla n'ime ọkpụkpọ na ijeozi nke ya wee bụrụ ngwaọlụ ịhunanya Gị, nye odibo Gị a gaje ichi Bishop ugbu a onyinye amara niile dị mkpa maka ijeozi ya site n'Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị Jizọs Kraịst. Amen

**OCHICHI ỤKỌCHUKWU (Ocha)**
Chineke Nna anyị, Onyenwe ụwa niile, anyị na-enye Gị ekele,





n'ihi na site n'Ọkpara Gị, Ị kpọrọ anyị n'ime nnwekọ nke Nzụkọ Gị zuru ụwa niile, nụrụ ekpere anyị n'ihi ndị Gị, ndị okwukwe, ka onye ọ bụla n'ime ọkpụkpọ na ijeozi ya wee bụrụ ngwaọlụ nke ịhụnanya Gị, ma nye ndị odibo Gị a gaje ichi Ụkọchukwu ugbu a onyinye amara niile dị mkpa maka ijeozi ha site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị. Amen

**ỤKA NDI NNE**
Chineke Nke obi-ebere, Onye Ọkpara Gị, Jizọs Kraịst bụ nwa Meri, sonyere na-ndụ nke ezinulo n'obodo Nazaret; Onye, n'elu obe dọọrọ ezinulo niile nke ụwa nye onwe Ya, gba anyi ume nime ndụ anyị kwa ụbọchị, ka n'ime ọṅụ na iru-uju anyi amara ike nke nnonyere Gị, iji chịkọta Ezinulo onu, ma gwọọ kwa ọrịa ya, site na Jizọs Kraịst, nwa Gị, na Onyenwe anyị, Onye dị ndụ, soro Gị na-achị achị, n'idinotu nke Mmọọ Nsọ, otu Chineke, ugbua na mgbe ebighi ebi. Amen.

**ỤKA NDI NNA**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Nna nke elu igwe, Onye Ọkpara Gị, Jizọs Kraịst sonyere na-ndụ nke ezinulo na Nazaret; zite ngọzi Gị, anyị na-arịọ Gị, n'isi ezinulo nile nke kwere na Kraịst, ka ndị nne na nna, site na mmọọ nke nghọta na nke amamihe, ka ndị bụ ụmụ site kwa na mmọọ nke nrubeisi na nsọpụrụ, bụrụ ndi ejikọrọ ọnụ n'ihunanya, site n'Onye a bụụrụ nwata, ma mụtakwa nrubeisi nye uche Gị, ọbụna Jizọs Kraịst Onyenwe anyị. Amen

**OWUWE IHE-UBI**
Chineke Nke pụrụ ime ihe niile, Onye dị ndụ ebighi ebi, Gị, Onye sitere n'amara Gị nye anyị nkpuru nke ala na mgbe ha; anyị ji obi dị umeala enye Gị ekele nke si n'ala obi anyị pụta n'ihi onyinye ndịa, anyị na-arịọ kwa Gị ka Ị nye anyị amara nke anyị geji were ha otu okwesiri n'ihi ututo Gị, na inyere ndị nọ na nkpa aka, site na Jizọs Kraịst bụ Onyenweanyị, Onye dị ndụ na-abụ kwa eze nyere Gị na Mmọọ Nsọ Otu Chineke, mgbe niile rue n'ụwa ebighi ebi. Amen.